Sapientia Global Journal of Arts, Humanities and Development Studies (SGOJAHDS), Vol.6 No.3 September, 2023; p.g. 295 – 316; ISSN: 2695-2319 (Print); ISSN: 2695-2327 (Online)

ỊGBA ALỤKWAGHỊM N'USORO OMENALA IGBO: OBODO IGBO ATỌ DỊKA EBE MGBAKWASỊ ỤKWỤ

Nke si n'aka
OKEY- AGBO, JACINTA N. (Ph.D)
EMAIL: jacintaokeyagbo@gmail.com
PHONE: 08061271905
&
AKAEZE, CHIOMA M. (Ph.D)
EMAIL: **chioma.akaeze@unn.edu.ng**
PHONE: 08035531080
&
IWUALA, ZEBULON (Ph.D)
EMAIL: zebiwuala@yahoo.com
PHONE: 08038305123
&
ACHEBE, LAURETA A.
EMAIL: **achebe.adaobi@unn.edu.ng**
PHONE: 08046462856

Ụmi Edemede

Iheọmụmụ a lebara anya n'ịgba alụkwaghịm n'usoro omenala Igbo dịka o si metụta obodo Igbo atọ bụ ndị gụnyere Abacha, Umunumo, na Nsukka. Igba alụkwaghịm bụ ikuku ọjọọ nke na-enweghi onye ọ dị mma n'ahụ site na mgbe gboo ruo taa. Ọtụtụ ndị mmadụ etinyela ọnụ n'okwu a bụ ịgba alụkwaghịm n'uzọ dị iche iche; ihe kpatara ya na ihe ọ na-eweta. Otụtụ ụmụ agba ọhụrụ na-ahụta ịgba alụkwaghịm dịka ezigbo ihe na ọsịsa ka mma nye nsogbu alụmalụ juru n'ụwa ugbu a. Ihe ndị na-eso ịgba alụkwaghịm kpatara ndị nchọcha ji hụta mkpa ọ dị ileba anya n'okwu a biagoro soro n'okwu ndị a kpụ n'ọnụ n'ala Igbo nakwa na mba ụwa dum site n'ịgbakwasị ụkwụ n'omenala obodo ala Igbo atọ. Mbunuuche nchọcha a bụ ichọpụta ihe ndị nwere ike ibute ịgba alụkwaghịm, ka e si agba alụkwaghịm, ya na uru na ọghọ dị n'ịgba alụkwaghịm. Ụdị ihe ọmụmụ a dị ezigbo mkpa n'oge ugbu a omenala Igbo nọ na nnukwu nsogbu sitere na nleghara anya. Ọ dị ezigbo mkpa maka ịhụta ka ya bụ isiokwu siri kwụrụ n'omenala Igbo ya na maka ịtụnye echiche n'uzọ mbeleta ya. E jiri usoro diskriptive sovei mee nchọcha a. Ndị a gbara ajụjụ ọnụ maka nchọcha a bụ ụmụ nwoke na ụmụnwaanyị dị iri abụọ na anọ n'ọnụ ọgụ bụ ndi Abacha, Umunumo na Nsukka. Obodo ndị a dịcha n'ala Igbo. Njiatule ọrụ a sitere n'ajụjụ ọnụ a gbara ha gbaasara ịgba alụkwaghịm ya na nlere anya. Atụtụ a gbakwasịrị ụkwụ na ya rụọ ọrụ a bụ Atụtụ Nkwekọrịta. N'ikpeazụ, a chọpụtara na ihe ndị na- ebutebe ịgba alụkwaghịm n'ala igbo dịka a hụtara n'obodo ndị e jiri mee nchọcha bụkarị; amụtaghị nwa, nwoke anaghị atụ nwaanyị ime, ajọ ezinaụlọ, ịgba n'ezi, izu ohi, were dịrị gawa. Ihe ndị a na-etisa nkwekọrịta na ịdịnootu. A chọpụtakwara, na ịgba alụkwaghịm nwere uru nwee ọghọm dị na ya. Nchọcha gara n'ihu itunye aro ka ịhụnanya chịba n'ezinaụlọ ọbụla n'ihi na ebe ịhụnanya dị ka udo na-adị.

Ọkpụrụkpụ okwu: Alumdi, omenala, ịgba alụkwaghịm.

Mkpolite

Ndị Igbo bụ ndị bi na ọwụwa anyanwụ nke Naijiria. Ha bụ ndị dị iche na agbụrụ ndị ọzọ maka omenala ha. Ha bụ ndị anaghị eji omenaala egwuri egwu. Igbo nwere otụtụ omenaala ha ji ebi ndụ ha nke gunyere; iru mgbede, alụmdi, ọmụgwọ, mmọnwụ, , iri ji, ịwa akwa, otu ọgbọ, ichi ọzọ were dịrị gawa. N'ime omenaala ndị a niile, alụmdi bu isi sekpu ntị n'ime ha niile; ọ bụ site na alụmdi ka mmadụ si abawanye. Ọ bụ ihe na-ejikọ ezinaụlọ na ibe ya ọnụ. Ọ bụ ihe na-eme ka ọha obodo gbakọta ọnụ. Ọ bụrụ na nwoke alụghị nwaanyị ma nwaanyị alụghị dị, ọ dị ka onye ahụ ọ kpara arụ megide nkwenye ọdinaala Igbo, belụsọ ma onye ahụ o chịrị echichi n'usoro ụzọ ndị ụka Katọlic. Alụmdi bụ ijikọ nwoke na nwaanyị dịka di na nwunye dịka o siri dị n'omenaala Igbo. Ezeuko (1986) kọwara alụmdi dịka njikọ dị n'etite nwoke na nwaanyị, nke ga-eme ka ụmụ nwaanyị ahụ mụtara bụrụ ụmụ ziri ezi ma zuokwa oke n'anya ọha na eze.

E nwere usoro alụmdi dị iche iche n'omenala Igbo ọ kachasị n'oge gboo. Ha gụnyere nwoke ịlụ otu nwaanyị, nwoke ịlụ ọtụtụ maọbụ ụbara nwaanyị, nkuchi nwaanyị, nhachi nwaanyị, nwaanyị ịlụ mmụọ, nwanyị ịlụ nwaanyị ibe ya were dịrị gawa. Mana a bịa n'obodo Atọ ndị a anyị gbadoro ụkwụ n'ihe ọmụmụ a, alumdị pụtakarịrị ihe bụ nwoke ịlụ otu nwaanyị na nwoke ịlụ ọtụtụ ụmụ nwaanyị. Ọ bụ ụdị alụmdi ndị a ka a na-esi enwetekarị ịgba alụkwaghịm n'obodo ndị a.

Abacha bụ otu n'ime obodo e nwere n'ala Igbo nke dị n'okpuru ọchịchị Idemili Nọọtu n'Anambra Steeti. Umunumo n'aka nke ya bụ otu n'ime obodo ndị di n'okpuru ọchịchị Ehime Mbanọ nke dị n'Imo Steeti. Nsukka bụ otu n'ime obodo dị n'ime okpuru ọchịchị Lokal Gọvment Nsụkka nke Enugu Steeti.

N'ọtụtụ obodo ala Igbo taa, ọtụtụ ezinaụlọ nọ n'ọgbaghara nke na-ebutebe ntisa. Mgbe Di na nwunye enweghizikwa ike ibi n'udo dịka o kwesiri ha abụọ nwere ike gbasaa, onye ọbụla achọrọ akaraka ya. N'ụzọ dị otu a, ịgba alụkwaghịm ewere ọnọdụ. Ịgba alụkwaghịm bụ ihe dị n'obodo niile ma soro n'otu n'ime omenaala zuru ụwa niile, ọkachasị n'ala Igbo. Ịgba alụkwaghịm bụ mgbasa alụmdị na nwunye nke na-eweta alụmdị n'isi njedebe. Ọ bụ omenaala ịkewa di na nwunye mgbe ha enweghịzị ike ịnagide onwe ha ma ọ bụ ibikwa dịka otu ezinụlọ. Osuagwụ (1982) kọwara ịgba alụkwaghịm dịka dị na nwunye ikewa, nke onye ọbụla ga-eji nọrọ nke ya. Ọ gara n'ihu kọwaa na ịgba alụkwaghịm na-adị ire mgbe e nweghịzi mmekọrịta na nkwekọrịta nke dibu n'etiti nwoke na nwaanyị e jikoro ọnụ dịka dị na nwunye. Ọ bụ ihe mwute na ihe ihere na ọtụtụ ezinụlọ abụrụla ndị gbasara agbasa, kewaa ga bịrị iche iche. N'oge mbụ n'Ala Igbo, a naghị enwetakarị nsogbu ịgba alụkwaghịm dika ọ dị ugbu a, mana taa ịgba alụkwaghịm bụzi ọnọdụ na-apụta na alụmdị kwa mgbe kwa mgbe. Igba alụkwaghị abụrụla ihe zuru ụwa ọnụ.

Otu ịgba alụkwaghịm si arị elu kwa ụbọchi n'ala Igbo na n'ụwa niile kpalitere mmụọ ihe ọmụmụ a. Mbunuuche ozuzugbe ọrụ a bụ ịlenye anya n'ihe gbasara Igba alụkwaghị n'ala Igbo ndị Abacha Nsukka na Umunumo. Ihe ndị dị n'okpuru mbunuche ozuzugbe a bụga

ichọpụta; ihe ndị na-ebute ịgba alụkwaghịm, ka e si agba alụkwaghịm n'ala Igbo, ya na uru na ọghọm dị n'ịgba alụkwaghịm. Ọ bụ mbunuuche ndị a mebere ajụjụ nchọcha ọrụ a.

Ụdị nchọcha a dị ezigbo mkpa maka na o nwere ike ikpughe anya ndị mmadụ n'ihe ndị nwere ike ibute Igba alụkwaghịm. Ụdị mkpughe dị otu a nwere ike igbaziri ụmụ ntorobia na-etolite etolite ụzọ ndị e nwere ike ịgbaso wee zere nsogbu alumdi, ebe mmadụ nwere ike. Ọzọ, ọ bụkwa ụzọ e nwere ike isi kwalite ihe ọmụmụ omenala igbo werekwa ụzọ a tunyekwa n'abọ ihe ndị ga-eme ihe ọmụmụ n'ọdiniihu ga na-arụtụ aka.

Maka oke nchọcha, ihe gbasara ịgba alukwaghịm n'obodo Igbo atọ agwula ebe anyị ga-agbakwasị ụkwụ na ihe nchọcha a. Ọ gaghị adị mfe imezucha ihe niile gbasara ịgba alụkwaghịm na mba ụwa niile maọbụ ala Igbo niile n'otu ọrụ a. Ya mere nchọcha a ji wee chọọ ilebanye anya n'ịgba alụkwaghịm n'ụsọrọ omenaala Igbo dịka o si metụta naanị obodo Igbo atọ. Ịgba alụkwaghịm ebutele ọtụtụ ndọrọdọrọ. Ọ bụ ya mere ndị nchọcha ji chọọ ileba anya na nsogbu a bụ ịgba alụkwaghịm nke na-etowanyezi kwa ụbọchị n'ala anyị.

Usoro nchọcha a gbasoro wee rụọ ọrụ n'ihe ọmụmụ a bụ nke diskriptive sovee (sọvee nkọwa). Singleton na Straits, (2009:11), kọwara sọvee dịka nkọwasị na-arụtụ aka n'ihe ọmụmụ ma na-egosi etu e si agbaso usoro kwesịrị ekwesị were nyochaa ngwa nchọcha na ihe e ji mee ihe nchọcha. Jeannez, Shaughnessy na Zechmeister, (2011) sị na sọvee nkọwa bụ ụzọ mmadụ si ajụ ajụjụ iji wee mata ọtụtụ ihe; dịka echiche mmadụ, omume na omenala ndị. N'aka nke ọzọ, Ọ bụ usoro a kacha dabaa n'ihe ọmụmụ a ebe ọ bụ na data e ji arụ ọrụ kacha site n'ajụjụ ọnụ a gbara ndị mmadụ. Ndị e ji mee nchọcha bụ ụmụ nwoke na ụmụnwaanyị dị iri abụọ na anọ n'ọnụ ọgụ. mmadụ asatọ si n'ime obodo nke ọ bụla na ndị e ji mee nchọcha. bụ ụmụ nwaanyị. Ha niile bụ ndi Abacha nke dị n'okpuru ọchịchi Idemili Nọọtụ. Njatule ọrụ a sitere n'ajụjụ ọnụ a gbara ndị a gbaasara ịgba alụkwaghịm ya na nlere anya maka na e nwechara ndị so na ndị nchọcha sicha n'ime obodo atọ e ji mee nchọcha. N'ime ndị nchọcha e nwere onye Abacha, nwee onye ọzọ bụ onye umunumo, ma nwekwaa onye Nsukka. Ọ bụ ndị a du ndị ọzọ gaa n'ime obodo ndị e ji mee nchọcha maka inwete njiatụle ndị e ji rụọ ọrụ. Ụzọ ọzọ e si nwete data e ji rụọ ọrụ a bụ site n'ọgụgụ ụfọdụ akwụkwọ sitere n'ọba akwụkwọ dịgasị iche iche ya na ihe ndị a gụtara na ọwa ozi (intaneeti).

Nnyocha agụmagụ

Nkọwa okwu njirimee:

Alụmdi

Alụmdị bụ usoro ziri ezi nwoke na nwaanyị si ebikọta ọnụ ka ha nwee ike mụba ọmụmụ. Ọgbalụ, (1981) kọwara ya dịka ịlụ nwaanyị. Ọ sị na ọ bụ njikọta ezinụlọ abụọ ka ha bụrụ otu. Ọ kọwakwara na mmadụ abụọ lụrụ onwe ha ga-ebiri ma na-emekọrịta ihe ọnụ na-enweghị nkewa. Agụgụ (2006), na nkọwa nke ya sịrị na alụmdi na nwunye bụ ijikọta nwoke na nwaanyị dịka di na nwunye n'ụzọ omenaala sịrị kwado, nke ga-eme ka ụmụ ha ga amụta bụrụ ụmụ tozuru etozu n'ebe ndị obodo ha nọ nakwa n'anya ọha na eze. Anozoba (2010) sị na alụmdi bụ mbikọta ọnụ mmadụ abụọ n'ụzọ ndị obodo nabatara maka ihi ịmụta nwa. Alụmdị, dịka o si metụta ọrụ a, bụ nkwekọrịta dị n'etiti nwoke na nwaanyị, n'usoro iwu kwadoro, nke a tụrụ anya na ha abụọ ga- ebiko ọnụ dịka otu ahụ na mkpuruobi ganye na

ọnwụ ekewaa ha. Ọ bụrụgodị na otu n'ime mmadụ abụọ a anwụọ, ezinụlọ abụọ ahụ nwere ike idikwa na-emekọrita.

Omenaala

Ezeuko, (1986) kọwara omenaala dịka otu ndị si ezipụta ụzọ ndụ ha. Omenaala bụ ihe e ji mara ndị nke e nwere ike igbado ụkwụ were kọwaa ndị ahụ. Omenaala gụnyere ejiji ha, erimeri, nkwenye, ofufe, asụsụ, ekele, were dịrị gawa.

Ofomata (2012) kọwara omenaala dịka ihe niile banyere ndụ ndị Igbo na otu e sị eme ya. Ọ sịrị na ọ bụ omenaala ka ndị Igbo ji ahazi ndụ ha ma na-ebikwa ndụ maka na usoro obibi ndụ ha niile gbadoro ụkwụ n'omenaala ha. N'ebe a, anyị na-ahụta omenaala dịka usoro na-egosipụta ka ndị sị ebi ndụ ha. Ndụ anyị di n'elu uwa kwesịrị ịnwe usoro kwesịrị ka e were na-ebi ya. Mgbe ọbụla a hapụrụ usoro ndị ahụ, ndụ anaghịzikwa adị ka e sịrị chọọ ya. Omenaala na-enye aka ime ka e nwee usoro, ugwu na nsọpụrụ na obodo. Mba enweghị omenaala anaghị enwe usoro ezi obibi ndụ.

Igba alụkwaghịm

Ndị Igbo sịrị na awọ anaghị agba ọsọ ehihie n'efu, ya bụ na tupu nke a emee, a ga-enweịrị ebe mmịrị sịrị baa n'opi ụgbọgiri. Igba alụkwaghịm nwere ike site n'aka nwoke ma ọ bụ n'aka nke nwaanyị. Ọgbalụ, (1979) kwuru na ịgba alụkwaghịm bụ ụzọ e si ekewapụ di na nwunye na o nweghị ihe ga-eme ka ha bịrị ọzọ. Igbo na-asọ ịgba alụkwaghịm nsọ, ọ bụghị ihe e ji egwu egwu. N'aka nke ya, Osuagwu, (1982) sịrị na ịgba alụkwaghịm bụ di na nwunye ikewa, nke onye ọ bụla ga-eji nọrọ na nke ya. Mgbe nke a mere, alumdị ahụ abụrụla ihe gbasara agbasa. Tupu ịgba alụkwaghịm e were ọnọdụ, a ga-enwe mbọ a gbara ka e nwee ike kpezie esemokwu na-akpata ya, mana ọ bụrụ na nke a enweghị isi ihe na-esote bụzị ịgba alụkwaghịm. Ezeuko, (1986) kwuru na ịgba alụkwaghịm bụ mgbe a na-enweghịzị mmekọrịta na nkwekọrịta nke dibu n'etiti nwoke na nwaanyị nke mere na ha ebikwaghị n'otu ụlọ ọzọ.

N'ọrụ a, ịgba alụkwaghịm bụ dị na nwunye e jikọrọ ọnụ n'ụzọ iwu kwadoro ijịrị aka ha tọsaa maọbụ kewa onwe ha na ha anaghị alụ maọbụ ebi ka di na nwunye ọzọ. Ọ bụ nkewa dị na nwunye mgbe ha enweghị ike ịnagide onwe ha ka a na-akpọ ịgba alụkwaghịm. Ịgba alụkwaghịm bụ ihe na-adapụta na ndụ dị na nwunye mgbe nsogbu na esemokwu nọzị n'elu ọjị nke na ọ dighịkwa onye n'ime ha abụọ chọrọ udo, ihe onye ọ bụla chọrọ bụ mgbasa.

Isi sekpụ ntị na nkọwa niile e nyere ebe a bụ na ịgba alụkwaghị bụ 'nkewa.' E nwere ike ịgba alụkwaghịm abụrụ n'ụlọ ikpe, n'ụlọ ụka maọbụ n'ọha obodo. Mana a bịa n'omenaala Igbo, ịgba alụkwaghịm bụ n'ọha obodo ka ọ na-ebe.

Ntule Atụtụ ụfọdụ metụtara ọrụ nchọcha;

Atụtụ Ọdimnobi (Atụtụ soolmeet)

Atụtụ a pụtara ihe n'ihe ọmụmụ Cohen (2002). A na-akọwa na atụtụ a tọrọ ntọala ya n'akụkọ nkọmịrịkọ ndị mba Griik. Akụkọ nkọmịrịkọ a sị na Chukwu okike keburu mmadụ nye ya ụkwụ, aka, anya, na ara anọ anọ. Mana e mechara Chi okike a wee kewaa mmadụ a ụzọ abụọ ma nye ya ọrụ ijegharị n'ụwa chọta ọkara mmadụ ya nke abụọ. (The Guardian-www.theguadian.com & www.psychologytoday.com) Atụtụ a kwenyere na ihe kpatara dị na nwunye ji agba alụkwaghịm bụ maka na ha abụghị ọdịnoobi ibe ha. Ha achọtaghị ọkara ha

nke ọzọ. Ya bụ na ịhụnanya kọrọ ụkọ n'ebe ha nọ. N'ime akwụkwọ Cohen dere a kpọrọ *Implicit theories of relationship; implications for relationship satisfaction and longevity,* o kwuru na ọ bụ naanị otu nwoke na nwaanyị ka Chukwu kenyere onye ọ bụla. Nke a kpatara na ọ bụ naanị ọkara mmadụ ahụ Chukwu kenyere onye ọ bụla ka ya na ya ga ebinwu n'ụlọ dịka dị na nwunye. Atụtụ a sịkwa na ọ bụ naanị ụfọdụ ndị mmadụ bụ ndị ma ihe ihụnanya bụ n'ezie. Ha kwenyekwara na onye ọ bụla Chukwu kenyere mmadụ bụ onye Chukwu kwadoro. Ọ sị na ihe bụ isi sekpụ ntị n'ihe gbasara alụm di na nwunye bụ ịchọta onye ahụ Chukwu kwadooro ya bụ onye e kekọrọ ha abụọ. Atụtụ a gara n'ihu kwupụta na ihe na-ebute ịgba alụkwaghịm bụ mgbe mmadụ na alụtaghị onye Chukwu kwadooro ya ma ọ bụ onye e kekọọrọ ya na ya.

Atụtụ Nkwekọrịta (Atụtụ kọnsent) maka ịgba alụkwaghịm

Onye a na-eweliri aka elu maka nsiripuru atụtụ a bụ onye ọkaikpe ndị England bụ William Blackstone. Nwamdi a dere ihe n'akwụkwọ ọkaiwu ndị England a kpọrọ, "commentaries on Laws of England" n'afọ (1765). Ọ bụ n'ihe ederede ya ka nwoke a kwupụtara na alụmdị na nwunye bụ ihe si na nkwekọrịta mmadụ abụọ ọ gbasara. Ndị nkwado atụtụ a dịka Eskridge,(2013) na-ahụta ịgba alụkwaghịm dị ka ihe adịghị njọ maka na ọ na-enye aka ebelata ihe ụfụ ndị na-eso ọdịda ntụkwasịrịta obi, inwe obiisike, na nkwụdọsike n'ime ndị na-alụ dị na nwunye. Dịka Spandan (2021) si rụtụ aka, atụtụ Nkwekọrịta maọbụ kọnsent bụ otu n'ime atụtụ ịgba alụkwaghịm ndị e nwere. Ihe atụtụ a na-ekwu bụ na ihe ndị bụ ntọala alụmdi na nwunye bụ ntụkwasịrịtaobi, inwe obiisike, na nkwụdọsike n'ime ndị na-alụ dị na nwunye. Spandan sị na ọ bụrụ na ihe ndị a bido ịkọ ụkọ n'alụmdi na nwunye, na ọ ga-ebute ịgba alụkwaghịm. Ọ sị na e kwesighị igbu oge mgbe ihe ndị a bụ ntọala alumdi kọbara ụkọ na alụmdi na nwunye maka mgbochi nnukwu nsogbu nwere ike ịdapụta na ya. Atụtụ a na-akọwa na alumdi na ịgba alụkwaghịm nọ n'ogo dị nhatanha. Nkọwa ndị otu atụtụ a bụ na ọ bụrụ na di na nwunye na-ekwekọrịta mgbe ha na-achọ ịlu na ha ga-ekwekọrịtakwa mgbe ha na-achọ ịgba alụkwaghịm. Mperi atụtụ a riri bụ na ha etinyeghị arọ ihe e nwere ike ime mgbe ọ bụ naanị otu onye n'ime di na nwunye bụ onye chọrọ ịgba ya bụ alụkwaghịm.

Atụtụ Iri mperi maọbụ ịda iwu (fọltụ tiori)

Atụtụ a sokwa n'atụtụ ndị e nwere maka ịgba alụkwaghịm. A tọrọ ntọala atụtụa n'ụlọikpe ndị Uka England na senchuri nke iri na asaa, (c17th). Aha mbụ a kpọrọ atụtụ a bụ atụtụ mmamikpe, (www.law.cornell.edu). Ndị tinyegoro ọnụ kwado atụtụ a bụ ndị dịka, Terman, (1938), Bowe, (1981) dgz. Ihe ndị otu atụtụ a na-ekwu dika Spandan (2021) mere ka a mara bụ na e nwere iwu ndị kwesiri ka a kpachapụrụ ha anya n'alụmdi na nwunye. Iwu ndị a bụ ndị metụtara Ikwa iko maọbụ ịgba n'ezi, oke mmegbu na mmegide, ya na mgbahapụ maọbụ mgbakete azụ. Ha sị na iri mperi n'iwu ndị a na-etinye ọlụlụ di na nwunye n'ezigbo nsogbo. Ha sị na ihe onye dara iwu ndị a na-egosi bụ etozughị etozu n' alụmdi na nwunye. Ha sịkwa na ntaramaghụhụ ga-adịrị onye dara iwu ndị a bụ ịgba ya alụkwaghịm.

Ntụleharị ọrụ a rụrụ banyere isiokwu

E meela ọtụtụ nchọcha banyere ịgba alụkwaghịm maka na ọ bụ isiokwu dị ọkpụrụkpụ. Site na nchọpụta e nwetere, ịgba alụkwaghịm bụ ihe dị n'obodo dị iche iche n'ụwa tinyekwara ala Igbo. Ọtụtụ ndị mmadụ e deela nnukwu ihe banyere alụmalụ di na nwunye n'ala Igbo. Ụfọdụ n'ime ndị a gụnyere ndị anyị ga-eleba anya n'ọrụ a dika: Uchendu (2007) nyochara nwaanyị

ịlụ nwaanyị n'ala Igbo. Mbunuche ya bụ ịchọpụta ihe kpatara nwaanyị ji alụ nwaanyị n'ala Igbo. Nchọcha a gosịrị na ọ bụ ka nwaanyị ahụ na-alụ nwaanyị were nweta nwa site n'aka nwaanyị ahụ ọ lụrụ, ya na ka nwa a mụtara bichie obi ebe nwa anọghị o kachasị nwa nwoke. Ọ chọpụtakwara na nwaanyị ajadụ na- amụtaghị nwa nwoke mgbe dị ya dị ndụ nwere ike ilụta nwaanyị maka dị ya nwụrụ anwụ ka ndị mmadụ hapụ iri akụnụba dị ya. Aguiyi, (2010) lebara anya n'ịgbanezi na ka o si pụta ihe n'*isi akwụ dara n'ala, isi kote ebu na Aghịrịigha*. Mbunuche nchọcha a bụ ịchọpụta ihe na-akpata ịgbanezi na ajọ ikuku ịgbanezi na-ebute n'ezinụlọ. Enwekwaghị ntụkwasị obi, ọrịa, ihe isiike, obi mgbawa were diri gawa bụ ihe ndị a hụtara ịgbanezi bu aga. Ọ chọpụtara n'ikpeazụ na ịgbanezi na-ebute ịgba alụkwaghịm dịka ọ dị na *Isi akwụ dara n'ala*.

Ozioko, (2014) mere nchọcha banyere ịgba alụkwaghịm na ezinụlọ akwụdosighị ike: Ihe kpatara ya, mmetụtara na mgbochi. Mbunuche ya bụ ịchọpụta ihe na-ebute ịgba alụkwaghịm na ezinụlọ akwụdosighi ike na Naijirịa ebe Nsụka bụ ebe mgbado ụkwụ ya. Nchọcha a jịrị akwụkwọ ajụjụ ọnụ dị narị abụọ na iri mee nchọcha. A chọpụtara na ọtụtụ ihe na-ebute ịgba alụkwaghịm gụnyere atụghị ime n'ebe nke nwaanyị nọ, ise anwụrụ ọkụ, ịńụ oke mmanya na ọtụtụ ihe ndị ọzọ. Ihe ọzọ a chọpụtara na-egosi na ụmụaka nọ ebe a gbara alụkwaghịm na-ata oke afụfụ. A chọpụtakwara na ọ bụrụ na nna enweghị ike igboro ezinụlọ ya mkpa ha dịka ihe oriri, akwa, ụlọ na ihe ndị ọzọ nwere ike ime nwaanyị ọ na-alụ, ka ọ gbaba n'ezi. Nchọcha a tụrụ aro ka ndị ọchịchị wepụta iwu ga-eme ka ịgba alụkwaghịm sie ike ka o mee ka ndị mmadụ belata ịgba alụkwaghịm n'ala anyị. Nchọcha nke Ozioko (2014) mere na nke a yitere n'ihi na ha abụọ na-ekwu maka ịgba alụkwaghịm mana ha abụọ abụghị otu ihe n'ihi na nke Ozioko gbadoro ụkwụ n'obodo Nsụka ebe nke a na-eme ugbu a bụ n'obodo Abacha, Nsukka na Umunumo.

Kelly na ndị otu ya (2017) banyere n'ime obodo Dublin maka ihe na-apata oke ịgba alụkwaghịm. Na nchọpụta ha, ha hụtara na alụmdị na nwunye nke malitere n'oke ekwe ekwe na ndọrọndọ na-ebikarị n'ịgba alụkwaghịm. Wellerstein na Lewis (2018) mere ihe ọmụmụ n'isiokwu ha kpọrọ, 'the Effect of divorce on children,' ya bụ ka ịgba alụkwaghịm si emetụta ụmụaka. Ihe nchọpụta ha bụ na ụmụaka ndị nne na nna ha gbara alụkwaghịm na-aka ezipụta ihe mgbu nke obi, nchkasị mgbakasị ahụ, achịkọtaghị onwe ọnụ, nkọropụ obi na ọke ịdamba na mmụọ. Liu na ndị otu ya (2019) gosiri mmasị ha n'inyocha alụmdi na nwunye ndị agụghị akwụkwọ n'ime obodo China. Ihe nchọpụta ha gosiri na nsogbu na-esitebe na mmekpahụ sitere n'akwụdosighị ike na ihe akụ na ihe enweenwe adapụta ruo n'ịgba alụkwaghịm.

Aroh, (2019) lebara anya n'ịtụle ihe na-akpata alụmdị akwụdosighị ike na Nsụka. Mbunuche ya bụ ịchọpụta ihe na-ebute alụmdị akwụdosighị ike, otu o sị emetụta ezinụlọ na ụzọ a ga esi beleta ya n'ime obodo dị na Nsụka. Nchọcha a jịrị ajụjụ ọnụ dị narị abụọ na anọ were rụọ ọrụ. Nchọpụta e mere na-egosi n'ihe na-akpata alụmdị akwụdosighi ike gụnyere amụtaghị nwa, enweghị ntụkwasiobi, ihe isi ike, onye nke atọ ịbata na alụmdị na nwunye. Ihe nhịahụ ọ na ebute a hụtara gụnyere ụmụaka ịnupu isi, ịgba alụkwaghịm, ọnwụ mmadụ, were dịrị gawa. Nchọcha a na-egosi na alụmdị akwụdosighị ike dị ebe niile na ọ bụghị otu mpaghara ka ọ na-emetụta. Ọ tụrụ arọ ka a na-enye ndị na-alụ dị na nwunye ezigbo ọzụzụ na ịgụ ezigbo akwụkwọ. Nchọcha nke Aroh, (2019) mere na nke a yitere n'ihi na ha abụọ na-ekwu maka di na nwunye mana ha abụọ abụghị otu ihe n'ihi na nke Aroh gbadoro ukwu na itule ihe na

akpata alụmdị akwụdosighị ike na Nsụka ebe nke a na-eme ugbu a bụ maka ịgba alụkwaghịm n'obodo Abacha, Nsukka na Umunumo.

Olekaibe na Obiakor, (2021) lebara anya na ọdịda alụmdị dịka ajọ ikuku sere elu n'agụmagụ Igbo ndị a họọrọ. Mbunuche nchọcha a bụ ịmata ka isiokwu a sịrị see elu n'agụmagụ Igbo ndị a họọrọ. E ji agụmagụ Igbo anọ mee nchọcha a. A gbasoro usoro ntule ndịna wee hazie ya. A chọpụtara etu ndị Igbo si ahụta ọdịda alụmdị, ụfọdụ ihe na-akpata ọdịda alụmalụ nakwa ụzọ ndị e nwere ike isi gbochie ọnọdụ a n'ime alụmalụ. Ndị nchọcha a tụrụ aro ka ndị mmadụ nọ n'ime alụmalụ gbalahụ ọnọdụ a site n'ụdị agwa ha na-akpa n'ime alụmalụ ha. Nchọcha nke Olekaibe na Obiakor, (2021) mere na nke a yitere n'ihi na ha abụọ na-ekwu maka alụmdị mana ha abụọ abụghị otu ihe n'ihi na nke Olekaibe na Obiakor gbadoro ụkwụ na ọdịda alụmdị dịka o si pụta ihe na'akwụkwọ agụmagụ Igbo ụfọdụ ebe nke a na-eme ugbu a bụ maka ịgba alụkwaghịm n'obodo Igbo atọ. Nchọcha niile e nyochara ebe a yitechara ibe ha maka na ha na-arụtụcha aka n'ihe gbasara nsogbu alụmalụ mana ebe ha si dị iche bụkarị n'ebe a gbadoro ụkwụ lenye isiokwu a anya.

Atụtụ nchọcha

Atụtụ Nkwekọrịta maọbụ Atụtụ kọnsent maka ịgba alụkwaghịm Dịka Spandan (2021) si rụtụ ya aka, ka anyị gbadoro ụkwụ rụọ ọrụ a. Atụtụ a bụ nke na-arụta aka n'ihe ndị bụ ntọala alụmdi na nwunye dịka ntụkwasịrịtaobi, inwe obi isike, na nkwụdọsike n'ime ndị na-alụ dị na nwunye. Atụtụ a na-eme ka a mara na ọ bụ ụkọ ihe ndị ntọala ndị a n'alụmdi na nwunye, na-ebute ịgba alụkwaghịm. Ọ sị na e kwesighị igbu oge mgbe ihe ndị a bụ ntọala alumdi kọbara ụkọ na alụmdi na nwunye maka mgbochi nnukwu nsogbu nwere ike ịdapụta na ya. Atụtụ a na-akọwa na alumdi na ịgba alụkwaghịm nọ n'ogo dị nhatanha. Nkọwa ndị otu atụtụ a bụ na ọ bụrụ na di na nwunye na-ekwekọrịta mgbe ha na-achọ ịlụ na ha ga-ekwekọrịtakwa mgbe ha na-achọ ịgba alụkwaghịm. Ndị nkwado atụtụ a na-ahụta ịgba alụkwaghịm dị ka ihe adighị njọ maka na ọ na-enye aka ebelata ihe ụfụ ndị na-eso ọdịda ntụkwasịrịta obi, inwe obi isike, na nkwụdọsiike n'ime ndị na-alụ dị na nwunye.

NTỤCHA DATA

Ịgba Alụkwaghịm N'Ala Abacha?

Dika anyị rụtụgoro aka, ịgba alụkwaghịm bụ nkewa nke na-adị n'etiti di na nwunye ma bụrụkwa nke na-eweta alụmdi na nwunye ahụ n'isi njedebe. Ịgba alụkwaghịm, dị ka otu ọnọdụ na-adapụta n'ime alụmdi na nwunye, sokwa n'otu n'ime omenala na-ejikọta omenala ala Igbo niile ọnụ. Ịgba alụkwaghịm n'ala Igbo bụ nkewa nke na-adapụta n'etiti di na nwunye ndị jikọburu onwe ha ọnụ dị ka di na nwunye. Ọ bụ nkewa ma ọ bụ mgbasa ezinaụlọ nke na-ebute di na nwunye ịga biri iche iche. A bịa n'ala Igbo niile, ha anaghị ahụta ịgba alụkwaghịm dị ka ihe ọma n'ihi na ha nwere nnukwu nsọpụrụ pụrụ iche n'ebe alụm di na nwunye nọ. Mgbe a na-agba mmadụ dịka Mz. Ifeakandụ (09-01-16) ajụjụ ọnụ, ọ kọwara na nwoke ma ọ bụ nwaanyị ọ bụla na alụghị di ma ọ bụ nwunye etozughị etozu dịka nwa a ma ama n'ala Abacha. N'ihi nke a, ọ sị na ndị Abacha kwenyere na ọ nweghị onye na-agọrọ nwa ya nwoke ma ọ bụ nwa ya nwaanyị ọfọ ka ya na di ya ma ọ bụ nwunye ya gbaa ibe ha alụkwaghịm. Ọ bụ eziokwu na ọtụtụ omenala Igbo na-ejikọta ndị Igbo niile ọnụ mana omenala ọ bụla na-aga dị ka nkwenye obodo ọ bụla siri dị. N'ihi nke a, dị ka ndị Igbo Abacha, Nsukka na Umunumo si ahụtagasị alụkwaghịm n'obodo ha ka anyị na-eleba anya na ya.

Ihe Ndị Nwere Ike Ibute Ịgba Alụkwaghịm N'ala Igbo atọ e ji mee nchọcha Oge gboo

Ọ bụrụla ihe doro anya n'ugbua ịgba alụkwaghịm na-abawanye n'ọnụọgụgụ karịa ka ọ dị na mbụ. Ndị Igbo kwuru na-awọ anaghị agba ọsọ ehihie n'efu. Nke a pụtara na ọ dịghị onye na-akpachapụ anya agba ibe ya alụkwaghịm. Ọ bụ n'ihi nke a ka anyị ji chọọ ileba anya n'ọtụtụ ihe na-eweta alụkwaghịm n'Abacha, Nsukka na Umunumo, dịka anyị chọpụtara n'ọhịa nta.

Ịgba N'Ezi

Mz. Ojukwu (04-01-19) bụ onye Abacha, Okoroafọ, (20-04-21), onye Umunumo na Okpe, (28-12-21), onye Nsukka, bụcha ndị a gbara ajụjụ ọnụ. Ha mechara ka anyị mata na mgbe a na-ewe nwaanyị ọ bụla ka onye lụrụ di n'ala Igbo, tụmadị n'ala ha niile bụ mgbe nwoke kwụrụ ụgwọ ego isi nwaanyị ahụ, gbakwaa nkwụ ya ma mee ihe ndị ọzọ kwesịrị na ọ ga-eme dị ka omenala ha siri dị. Mgbe nwoke mechara ihe ndị a niile, nwaanyị ahụ ga-abụzị nwunye nwoke ahụ kpọmkwem. Nwaanyị dị etu a agaghị enwekwa mmekọrịta ya na nwoke ọzọ na abụghị di ya, mgbe o mere nke a, ihe ọ pụtara bụ na nwaanyị ahụ agbaala n'ezi. E mere ka anyị mara na mgbe nwoke ọ bụla chọpụtara na nwunye ya na-agba n'ezi n'ala Igbo, obi agaghị atọkwa nwoke ahụ ụtọ. Ihe dị otu a na-abụ oke ihe mwute nye nwoke Igbo niile na nwaanyị o jiri ego ya wee lụọ hapụrụ ya ga dinawa ụmụ nwoke ọzọ. Ọ bụkwa ihe nwute ma nwaanyị nwee enyi nwoke ya na ya na-arahụ. Ha niile kwekọtara na nwaanyị gbara n'ezi enyeghị onwe ya na di ya ugwu. Ha sị na ọ bụrụ na nwoke achọpụta ihe ndị a niile, ihe mbụ ga-abata ya n'uche bụ ụzọ ọ ga-esi kpọlaa nwaanyị ahụ na be nna ya n'eleghị anya n'azụ.

Mz. Ojukwu na Okpe kacha kwupụta na anaghị ewe nwaanyị ịgba n'ezi ka ihe ọchị n'ihi na ha kwenyere na ajọ omume dị etu a na-ewete oke ọrịa ma ọ bụ ọnwụ n'ebe di nwaanyị ahụ nọ. Ha gara n'ihu kwuo na ihe mbụ nwoke matara na nwunye ya na-agba n'ezi na-ebu ụzọ eme bụ ịkwụsị iri nri nwaanyị ahụ siri. Ma nwoke emeghị nke a, ha sị na nwoke ahụ ga-ada n'oke ọrịa nke na-eweta ọnwụ n'ebe nwoke ahụ nọ. N'ihi nke a, nwoke ọ bụla chọpụtara na nwunye ya ekwesighị ntụkwasị obi n'ebe di ya nọ na-agba mbọ hụ na ọ gbara ya alụkwaghịm tupu ọnwụ ahụ e sochie ya anya. Ha niile hụtara ịgba alụkwaghịm dị ka ụzọ e sị ewepụ aka enwe n'ofe tupu ọ ghọọ aka mmadụ.

N'otụ aka ahụ, Ojukwu kọwakwara na nwaanyị nwere ike ịgba di ya alụkwaghịm ma ọ bụrụ na nwoke ahụ nwere ọtụtụ ụmụ nwaanyị ya na ha na-enwe mmekọrịta nwoke na nwaanyị. Ọ sị na mgbe nwaanyị chọpụtara omume ọjọọ a n'ebe di ya nọ, na o nwere ike kpebie ịga nọọrọ onwe ya karịa na ya na nwoke dị etu ahụ ibiri n'otu ụlọ. Ọ sị na nke a bụ n'ihi na dị ka nwoke a na-agagharị n'ọtụtụ ụlọ ụmụ nwaanyị, otu ụbọchị ọ ghaghị ibute otu ọrịa ma ọ bụ ibe ya nwekwara ike ikpochapụ ezi na ụlọ ma ọ bụrụ na akpachaghị anya. Ya bụ na nwaanyị ahụ nwere ike ikpebi ịga nọọrọ onwe ya na be nna ya karịa ịnọ na be di ya nwụọ ọnwụ erughi eru. O kwukwara na ọ bụrụkwa na o nwee ka di nwaanyị a si kwuo na ya chọrọ ịlụ nwanyị ọzọ, nwaanyị a nwere ike o dikata ihe nke a, otu ụbọchị ọ gbaa di ya alụkwaghịm n'ihi na ọ chọghị ka ya na nwaanyị ọzọ kekọrịta ịhụnanya di ya nwere n'ebe ọ nọ.

Amụtaghị Nwa

Nke a bụ ihe ọzọ e si n'ọnụ ọtụtụ ndị a jụrụ ajụjụ wee nụta dịka ihe na-ebute ịgba alụkwaghịm. Ihe karịrị ọkara na ndị a gbara ajụjụ ọnụ kọwara na ihe onye ọ bụla lụrụ nwaanyị na-atụ anya

ya bụ na otu ụbọchị nwaanyị ahụ ga-amụtara ya nwa. Ha sị na nwa bụ ihe kachasị dị oke ọnụ n'anya onye ọ bụla n'ala Igbo. Site na nkọwa ha nyere, e mere a ka a mata na ndị Igbo kwenyere na e wepụ nwa, nwoke agaghị ịdị na-alụ nwaanyị n'ihi na ha kwenyere na ihe nwoke ọ bụla ji alụ nwaanyị bụ ka ọ mụta onye ga-anọchi anya ya mgbe ọ lara mmụọ, ma ọ bụ onye a ga-eji na-echeta aha ya ma ọ bụ onye ga-ele ya nka.

Ha kọwapụtara na mgbe nwoke na nwaanyị biri ọtụtụ oge ma ha amụtaghị nwa, na ọ na-eweta obi nwute ma ọ bụ ụfụ n'ebe di na nwunye ahụ nọ. N'oge ahụ ndị mmadụ ga-amalite ime ntamu dị iche iche na ha amaghị onye o si n'aka, ma ọ bụghị nwoke ọ bụrụ nwunye ya. Ha mere ka a mata na ọ bụrụ na a chọpụta onye nsogbu a si n'aka, ọ bụrụ na ọ bụ n'aka nwoke, ụmụ nne nwunye ya ga-akwanyere nwaanyị ahụ ka ọ gbaa di ya alụkwaghịm ma gaa lụọ nwoke ọzọ ebe ọ ga-amụ nwa ga-elekọta ya anya na mgbe nka.

N'otu aka ahụ, anyị nụtara na ọ bụrụ na nsogbu ahụ si n'aka nwaanyị, ndị mmadụ, ọ kachasị ndị ụmụ nna nwoke ahụ, ga-atunye ya aro ka ọ hapụtụ nwunye ya aka obere oge gaa chọta nwaanyị ọzọ ma nwatụ onwe ya maka iji gosi ma ọ bụkwa nwoke. Maazi Okoro na Nsukka gara n'ihu kọwaa na oge ụfọdụ, ụmụ nna ga-enye aka n'ịchọtara nwanne ha nwoke nwaanyị ọzọ ga-amụtara ya nwa. Mgbe ahụ ka nwoke ahụ ga-enwe ike idula nwunye ya nke mbụ be nna ya ma gbaa ya alụkwaghịm tụmadị ma ọ bụrụ na nwaanyị ahụ enweghị ezi agwa. Ọ sị na mgbe ụfọdụ nwoke ahụ ebido na-emeso nwaanyị ahụ omume ọjọọ nke na-egosi na ya achọghịzị nwaanyị ahụ ọzọ n'ihi na a tụrụ ilu si na anaghị eji ọnụ asị okenye pụọ n'anwụ. Mgbe ahụ nwunye ya ga-ejiri aka ya gbaa ya alụkwaghịm ma si ka ya hapụ nwoke ahụ na nwunye nke abụọ karịa ịnọrọ ebe ahụ na-anata mkpari sitere n'aka di ya na nwunye di ya.

Izu Ohi

A bịa n'ihe gbasara ohi, Ndị niile a gbara ajụjụ ọnụ nwere nkwekọrịta na ọ na-ebute aha ọjọọ na ihere. Mz. Aronu (28-11-2019) kọwara site na-ịkọ akụkọ gbasara otu nwaanyị a na-akpọ Matina. Ọ sị na di nwaanyị a so n'otu n'ime ndị chiri echichi ọzọ n'ala Abacha ma bụrụ nwoke a ma ama bara ọgaranya. Mana dị ka nwoke a lụchara nwaanyị a bụ Matina, o bidoro nụwa ọtụtụ akụkọ banyere ohi nwunye ya na-ezu. Ọ sị na nwoke a gbalịrị ịhụ na nwunye ya kwụsịrị izu ohi, mana nwaanyị ahụ gakwara n'ihu n'izu ohi ma n'ahịa. Ọtụtụ oge, a na-ejide ya, gbaa ya ọtọ ma tikwaa ya ihe. E mechara na-akpọ ya 'nwunye ọzọ onye oshi' rue n'ụlọ di ya. Mgbe di nwaanyị a dikatara ụdị ihe ihere na mkparị dị etu a, otu ụbọchị di ya buuru mmanya durukwa nwaanyị ahụ dulaara ndị mụrụ ya. Mz Aronu sị na nwoke a jụkwara na ya agaghị ewere ego ọ kwụrụ n'isi nwaanyị ahụ. Nke a bụ iji gosi na ndị Igbo kpọrọ onye ọ bụla na-ezu ohi asị kpọkwaa ala ọ zodoro ụkwụ asị.

Mz. Aloka, onye Umunumo, gara n'ihu kọwapụta na mgbe nwoke ọ bụla matara nke ọma na nwunye ya bụ onye aka abụọ ma di ya anaghị eme etu ahụ, ọ ga-agwa nwunye ya ka ọ hapụ ajọ agwa ahụ ọ na-eme. Mana ọ kachie nti, nwoke ahụ ga-eduru ya hanyekwa nna ya n'aka ma si otu ahụ kwuo na ya agaghị alụkwa nwaanyị ahụ ọzọ.

Ọ gara n'ihu kọwapụta na ọ bụrụ na nwoke bụ onye na-ezu ohi ma nwunye ya anaghị ezukwa ohi, eleghị anya, o nwere ike bụrụ na nwoke ahụ tụụrụ nwunye ya asị na ya na-azụ ahịa nke a ma ọ bụ nke ọzọ, e mechaa nwaanyị a chọpụta na o nweghị ahịa ọ bụla di ya na-azụ kama

na ọ bụ nwoke ji abali mere ehihie n'izu ma na-etigbu. Nwaanyị ahụ nwere ike kpebie ịla be nna ya gaa chọrọ nwoke ọzọ ka ya mma karịa ịlụ nwoke na-ezu ohi.

Oke Ego Ma Ọ Bụ Ụkọ Ego

Oke ego nwere ike iweta alụkwaghịm n'alụm di na nwunye. Dị ka Amadi (03-12-19) siri kọwaa. Ọ sị na ọ bụrụ na nwoke na nwaanyị alụọ onwe ha ọhụụ, ha na-enwe nnukwu ịhụnanya n'etiti onwe ha. Ha abụọ na-ejiri obi ọchaa na obi anụrị wee na-eri ihe ọ bụla ha hụrụ ma na-enwe nchekwube na otu ụbọchị Chineke aghaghị ịgbanwe ọnọdụ ha. Mana mgbe ego bidoro batawa nwoke aka, mgbe ụfọdụ, o nwere ike bido nwebe ọtụtụ enyi ma ọ bụ bido gaba n'ụlọ oriri na ọńụńụ. Mgbe ụfọdụ, di nwaanyi ahụ nwere ike ịchọpụta na ọ dighị mma nwoke iri naanị otu ofe. Kama, e ritụ ofe egwusi, e ritụ ofe ọgbọnọ. Tupu a mara ihe na-eme, nwoke a achọpụtakwa na nwunye ya, ha abụọ bidoro tawa ahụhụ ego ahụ adịkwaghị mma ọlụlụ. N'ihi na ego ebidola na-abata ya aka. Ọ sị na ihe dị otu a edubala ụfọdụ ụmụ nwoke ibido na-agbanwe ụmụ nwaanyị ka a na-agbanwe akwa. Ọ gakwara n'ihu kwuo na mgbe nwoke ahụ bidoro kpawa ụdị agwa a, o gaghị enwekwa afọ ojuju n'ụlọ ya ọzọ, n'oge ahụ, osogbu dị icheche nwere ike isi otu a puru ma mita ịgba alụkwaghịm. Agbo Monica (10- 02-20) rụtụrụ aka ebe ọ bụ nwaanyị nwere ego. Ọ sị na nwaanyị ahụ nwere ike were maka na ọ bụ ya na-eweta ego niile n'ezi na ụlọ wee chọọ ka di ya bụrụ ohu nye ya ma ọ bụ ka di ya bụrụ odibo. Mgbe di ya chọrọ ka ya gosi na ọ bụ nwoke bụ isi ezi na ụlọ, nnukwu esemokwu na-esibe n'ụzọ dị otu a apụta n'etiti nwoke na nwaanyị. Oge ụfọdụ nwaanyị ahapụ di ya gaa wue ụlọ ebe ọzọ ma chọtakwa nwoke ọzọ ya na ya ga-ebi dị ka di na nwunye.

Ọzọ dị ka ibe ya bụ mgbe nwaanyị jiri maka ego nwoke nwere wee kwere ka nwoke ahụ lụọ ya. Amadi (03-12-19) gosipụtara na nwaanyị di etu a nwere ịhụnanya naanị n'ebe ego nwoke ahụ nọ n'ihi na mgbe ọ bụla ego bidoro kọwa nwoke ahụ, nwaanyị ahụ agaghị enwezi nsọpụrụ n'ebe di ya nọ. O nwere ike, o dikata agụụ ma ọ bụ ihe ụkọ ọ na-ahụ n'ụlọ nwoke ahụ, otu ụbọchị ọ gbapụ ọsọ gbalaa n'ụlọ nwoke ọzọ.

Nwaanyị Ịbụ Onye Arụsị Na-Eso Ma Ọ Bụ Nwoke Ịbụ Onye Arusị Na-Eso

N'ala Igboniile e nwere arụsị dị iche iche ha na-eji echekwa onwe ha. Ha anaghị eji arụsị a egwu egwu. Site n'ịrụtụ aka na nkọwa Ork. Nchekwube (09-01-21) nyere, ọ kọwara na mgbe ndi mmadụ gbalịrị elu, gbalịa ala ịchọpụta eziokwu dị n'okwu dị n'etiti mmadụ na ibe ya ma ọ bụ n'etiti obodo na obodo, a na-asị ha nụọ iyi n'arụsị iji gosipụta onye aka ya dị ọcha, ma ọ bụ ha ewere okwu dị etu a nyefee n'aka arụsị ahụ ka ọ bọọrọ ha ọbọ. N'oge ahụ, ọ bụzị ọrụ dịịrị arụsị ahụ igbu onye na-asị asị ma ọ bụ ibunye ya ọria nke ga-egosi na aka ya adighị ọcha. Oge ụfọdụ oke ihe ga-ebido mewe n'ezi na ụlọ onye dị etu a. Ezi na ụlọ dị etu a ga-aga na nke ndị dibịa afa ịmata ihe na-ebuta nsogbu ahụ. Ndị dibịa afa chọpụta, ndị be onye ahụ ga-aga gọọ arụsị ahụ otu arụsị ahụ siri chọọ ma ọ bụ arụsị e jiri aka ya kwuo onye ọ chọrọ iwere n'ezi na ụlọ ahụ. Oge ụfọdụ, ọtụtụ arụsị na ewere mmadụ, ehi, ụlọ ma ọ bụ ihe ọ bụla onye arụsị mara nwere.

Ork Nchekwube gara n'ihu kọwapụtakwa na onye ọ bụla arụsị chọrọ iwere apụghị ịsị na ya agaghị aga n'ihi na Igbo kwenyere na onye ọ bụla mere nke a ga-anwụ ma ọ bụ ihe mberede ana-emezi n' ụlọ onye ahụ rue mgbe arụsị ahụ kpochapụrụ ezi na ụlọ ha niile.

Ọ gakwara n'ihu kọọ akụkọ iji kwado ọsịsa ya. Ọ kọwara na o nwere otu nwa agbọghọbia nke lụrụ di. Ya na di ya bụkwa ndị Ụmụdisi Abacha. Nna nwa agbọghọbịa a bụ onye e jiri izu ohi na igbu mmadụ wee mara. Mana ọ sị na dị ka nna nwaanyị a nwụchara, oke ihe mberede dị iche iche malitere mewe n'ezi na ụlọ nwoke ahụ. Mgbe ha gara na dibịa afa, onye dibịa afa gwara ha na arụsi obodo Mbụda a na-akpọ 'Ore Mbụda' chọrọ iwere nwaanyị ahụ n'ihi arụ nna ya kpara. Nwaanyị a ekwetaghị na mbụ n'ihi na, dị ka onye lụrụ di, o chere na ya ga-agbanahụ ya. Mana n'oge n'adighị anya, Nwaanyị a dara n'oke ọrịa, ka a ka na-ekwu, otu nwa nwoke ọ mụtara anwụọ. Nke a mere di ya ji wee gbaa ya alụkwaghịm iji gbanahụ oke mmekpa ahụ o nwere ike inata n'aka arụsị ahụ n'ihi na ha anaghị eji arụsị egwu egwu. Nke a wee na-egosi na arụsị iso mmadụ bụ otu ihe ndị nwere ike ibute ịgba alụkwaghịm n'ala Igbo.

Nwoke Ilụchụ Nwaanyị Ma Ọ Bụ Nwaanyị Ilụchu Di

Ịlụ nwaanyị n'ala Igbo abụghị egwu nwoke chi akwa n'aka agba; ọ bụghị ihe nwoke na-asara ụsa gaa mee n'ihi na ndị ọgbọ ya na-eme. Na mgbe gboo, ọ bụrụ na nwoke awanyeghị akwa n'ukwu (nke gosiri na o tozuola nwoke) ọ gaghị alụ nwaanyị. Mana ugbu a, ihe dị etu a adịchaghịzi. Ugbu a, ọtụtụ ụmụ nwoke n'etorubeghị ogo ịlụ nwaanyị na-aga lụọ nwaanyị, kworo maka na ha na-enweta ego gaa mabaa n'ịlụ nwaanyị. Mgbe a lụchara nwaanyị, mgbe ụfọdụ, esemokwu dị iche iche a na-apụta n'ihi na nwoke ahụ ma ọ bụ nwaanyị ahụ enwebeghị amamụihe ọ bụla ọ maara banyere alụm di na nwunye ma ọ bụ enweghị amamiihe ọ ga-e ji wee na eso nsogbu ọbụla nwere ike ịdapụta n'alụmalụ ya.

N'otu aka ahụ, mgbe ochie, tupu nwaanyị eruo ogo ịlụ di, o nwere ọtụtụ ọzụzụ dị iche iche a na-enye ụmụ agbọghọ tupu ha alụọ di. Site n'ihe Mz. Okoro (28-12-19) kọwara, e nwere ndị ọrụ ha bụ izulite ụmụ nwaanyị ga-abụ ezigbo nwunye na be di ha. N'ebe ọzụzụ ahụ, a na-akuziri ha ihe ndị ha nwere ike izutegasị n'ụlọ di na etu ha ga-esi soputụrụ di ha. A ga-akuziri ha ụdị aha ha ga-akpọ di ha dị ka 'Nna anyị' ma ọ bụ etu ha ga-esi na-arụ ọrụ ezi na ụlọ ma ọ bụ na-esiri di ha nri. Ọ sị na ugbu a, ihe ndị a adighịzi ka ha dị na mbụ. Ụfọdụ na-aga dị ọsọọsọ maka ego nwoke ma ọ bụ oke ịhụnanya nwoke maọbụ ha abụọ nwere n'ebe ibe ha nọ wee lụọ di na nwunye. Tupu ha amụta otu nwa ma ọ bụ abụọ, esemokwu nwere ike ịkewa oke ịhụnanya ahụ, ha agbasaa.

Ọtụtụ ndị a jụrụ ajụjụ kwukwara na ọtụtụ oge, ọ bụrụ na nne na nna manyere nwa ha ka ọ lụọ nwoke ma ọ bụ nwaanyị na abụghị uche ha n'ihi ego. Oge ụfọdụ, nwoke nwere ike imego okenye mana ihe nne na nna mara maka ya bụ ego nwoke ahụ nwere, ya na uru ha ga-erita n'aka ya. Mgbe nwaanyị lụchara di ahụ, ọ gaghị enwe obi ụtọ n'ime alụm di na nwunye ahụ. Oge nwaanyị ahụ totere, o nwere ike ịgbapụ ọsọ n'ụlọ di ya ma soro nwoke ọzọ masịrị ya ma ọ bụ o jiri ọnụ ya kwuo na ya agaghị alụ nwoke ahụ ọzọ.

Nwaanyị Isi Ajọ Nri / Ajọ ite

Ụmụ nwoke niile a jụrụ ajụjụ tinyechara ọnụ n'okwu a. Ha sị na ọ bụ ọrụ nwaanyị a lụtara n'ezi na ụlọ ime ka ańụrị na udo dị n'ezi na ụlọ. Ha sị na ọ dịịrị nwaanyị isiri di ya ezigbo nri oge ọ bụla. Nwoke ọ bụla lụrụ nwaanyị chọrọ ka nwunye ya na esiri ya nri dị mma maka na ụmụ nwoke anaghị eji afo ha egwu egwu. Ọ bụ nke a mere Mz. Eze (09-12-19) jiri kwuo sị na mgbe nwoke chọpụtara na nwunye ya amaghị esi nri, nwoke ahụ ga-ejiri ụlọ oriri na ọńụńụ mere ebe obibi. Mana mgbe o dikatara ụdị ọnọdụ a, otu ụbọchị, o nwere ike ọ kpọlaara nne

mụrụ nwaanyị ahụ nwa ya ka ọ kụziere ya etu e si esi nri ma were oge ahụ kwuo na ya agaghị alụkwa ya ọzọ. nwoke dị otu a nwere ikikere ịga chọtara onwe ya nwaanyị ọzọ maara ihe ekwe na-akụ n'isi nri.

Ihe Ndị Butegoro Ịgba Alụkwaghịm N'etiti Ndị Gbagoro Alụkwaghịm N'Ala Igbo

Ọtụtụ ndị nke a metụtagoro a gbara ajụjụ ọnụ yọrọ ka a ghara ịkpọ aha ha n'ihe anyị na-ede n'okpuru ebe a. Mana ihe ndị anyị chọpụtagasịrị butegoro ịgba alụwaghịm n'obodọ atọ ndị e ji meenchọch a bụga ihe ndị a:

Oke Ije Abali Na Oke Ańụrụma

Otu onye n'ime ndị gbagoro alụkwaghịm na di anyị jụrụ ajụjụ si na ọ bụ nsọgbụ a dobereb ya n'ọnọdụ ọ nọ taa. Ihe ọ zara bụ na di ya bụ onye ańụrụma nke mere na ọ bata n'ime abalị o tiwe ya na ụmụaka ya ihe na nri juru oyi ma ọ bụ na ha akpọgheghị ụzọ n'oge. O kwukwara na mgbe ụfọdụ ha akpọghee ụzọ wee raghụ ụra mana ọ jejuo bata, ọ dara onye ọ bụla o zutere gbube na ha chọrọ ka ndị ohi bata n'ụlọ ya. O kwukwara na ndị ụmụnna dozikatara ya bụ okwu ike agwụ ha tupu ya bụ nwaanyị ekpebie iji ndụ ya mere ihe wee gbaa di ahụ alụkwaghịm.

Anaghị Ewete Ego

Onye ọzọ n'ime ndị gbagokwara alụkwaghịm na di anyị jụrụ ajụjụ kọwakwara ihe buteere ya ọnọdụ ịgba alụkwaghị m na dị. Ihe ọ zara bụ na kemgbe di ya lụrụ ya na ọ naghị enye ya ego nri, na ihe niile dị n'ụlọ ahụ bụ ya bụ nwaanyị zụtachara ha. Ọ sị na onweghị ihe ọ na-ewebata n'ụlọ. O kwukwara na ha gara ikpe maka ihe a na nke ndị 'Social welfare' dị na Idemili, Anambra Steeti mana ihe na-ebe a na-ebekwa. Ọ sịrị na nke ka njọ bụ na o sichaa nri, di ya agaghị eri ya ọ gwa ya nke ọ ga-esiri ya. Ọ gbagharịa jee chọọ ihe ọ ga-eme. O kwukwara na di ya ji ego mana ọ maghị ihe na-eri ego di ya. Ọ sị na mgbe ọ bụla ọ jụrụ ya ese ego di ya na-asị na o jighi ego ọ bụla. Nwaanyị a sị na ya dikatara ihe a wee kpebie na ike agwụla ya. O kwukwara na mgbe ọ lachara na di ya gara lụrụ nwaanyị ọzọ ozugbo.

Oke Awama Anya

Onye tụlitere isiokwu nke a bụ Mz Eze, (09-012-19) onye Nsukka. O jiri akụkọ ihe mere na ndụ enyi ya nwoke na nwunye wee kapịa ihe ọ na-ekwu ọnụ. Ọ kọrọ na o nwere otu nwaanyị enyi ya nwoke lụrụ, ya na di ya bụ ndị Ụmụakashị dị na Nsukka. Ọ sị na enyi ya nwoke na nwunye ya lụrụ di na nwunye mgbe nwaanyị a gụchabeghị akwụkwọ sekọndịrị sukulu. Ha mụtara ụmụ nwoke atọ. Mana enyi ya nwoke mechara gbaba mbọ ịhụ na nwunye ya gụchara akwụkwọ sekọndịrị ma gụọ mahadum na mahadum Naịjirịa dị n'E nu alụkwaghịm alụkwaghịm gu. N'akụkọ ya, mgbe nwaanyị a gụchara mahadum ma gaa iji otu afọ gaa ọzụzụ ndị ọkaikpe na Legos ma sikwe ebe ahụ fee ala nna ya ofufe, ọ chọtara enyi nwoke bụ onye ọka iwu ebe ahụ. Ka o mechara lọta, o bidoro mesowe di ya agwa ọjọọ iji gosi na ọ chọkwaghị ịga n'ihu n'alụm di ya na di ya. Ọtụtụ oge, ọ chọọ ka di ya bụrụ odibo ya ma ọ bụ ka di ya kwenye n'ihe ọ bụla o kwuru. Mgbe ndị mmadụ dozikatara esemokwu dị n'etiti ya na di ya, otu ụbọchị, nwaanyị a gbapụrụ ọsọ n'ụlọ di ya ma ga-biri n'ụlọ enyi ya nwoke onye ọka iwu ahụ na Legos, hapụ di ya nke mbụ na ụmụ ya atọ. Nke a wee bụrụ ka awamanya nwaanyị ahụ wara site n'ịgụ akwụkwọ jiri mee ka ọ gbaa di ya nke na-agụghị akwụkwọ etu ọ gụrụla alụkwaghịm.

Amụtaghị Nwa Nwoke

Mgbe anyị jụrụ otu onye nne n'ime ndị gbagoro alụkwaghịm na di ihe buteere ya ọnọdụ ịgba alụkwaghị na di, ihe ọ zara bụ na ọ mụrụ ụmụ nwaanyị asatọ. Ọ gara n'ihu kọwaa na mgbe ya dị ime nke ikpeazụ, na di ya gwara ya na ọ bụrụ na ọ mụghị nwoke na ọ ga-ala be nna ya. Nwaanyị a kọwara na mgbe ọ mụrụ nwa nke ikpeazụ ahụ, di ya bịara hụ na ọ bụkwa nwaanyị ka ọ mụrụ hapụ ya na nwa ọhụrụ n'ụlọ ọgwụ lawa. Ọ sị na ka ya lọtara n'ụlọ di ya ọ bụrụ na di ya ebulago akpa ya be nna ya na ọ gaghị alụzị ya. Etu a ka di ya si gbaa ya alụkwaghịm.

Ọ dị mkpa ịrụtụ aka na anyị rụtụchara aka n'ihe ndị nwwere ike bute igba alụkwaghịm na ndụ ndị Igbo dịka ndị anyị gbara ajụjụ ọnụ si gwagasị anyị. Otu ihe dị ọkpụrụ ha niile jiri otu olu kwupụta ma kwusie ya ike bụ 'Igba n'ezi.' Mana ihe ọzọ anyị hụtaziri bụ na n'ime ndị niile gbagoro alụkwaghịm anyi jụrụ ajụjụ, o nweghịzi ndị anyị hụtara bụ 'igba n'ezi' buteere ha igba alụkwaghịm. Echiche anyị wee bụrụ na ọ dị ka ndị mmadụ ma nke a nke ọma wee na-eze isi ha maka nke ahụ. Ebe ndị ha wepụrụ echiche na ya dịzi ka ọ bụ ebe ndị na-ebutezi ya bụ ịgba alụkwaghịm, ọ kachasị n'obodo ndị e ji mee nchọcha.

Ụzọ E Sigoro gbaa Alụkwaghịm N'Ala Igbo ndị e ji mee nchọcha

Alụm di na nwunye n'ala Igbo na-abụ ihe gbasatara nne na nna mmadụ abụọ na-alụ di na nwunye, ụmụ nna nwoke na ụmụ nna nke nwaanyị nakwa onye maọbụ ndị aka ebe, nwere ike ịbụ nwoke ma ọ bụ nwaanyị. Onye/ndị a na-anọ n'agbata nwoke chọrọ ịlụ nwaanyị na nwaanyị ọ chọrọ ịlụ. Ọ bụghị mmadụ niile ka a na-eji eme onye aka ebe n'alụm di na nwunye. Nne na nna mụrụ nwoke ga-achọ onye ọ na-adabara ya na ha n'akụkụ nke nwaanyị ka ọ bụrụ ha onye aka ebe. N'otu aka ahụ, nne na nna mụrụ nwaanyị ga-achọta onye ọ na-adabara ya na ha n'akụkụ nke nwoke ka ọ bụrụ ha onye aka ebe. Onye aka ebe nwere ike bụrụ nwa nne ma ọ bụ enyi ha mana ndị ahụ ga-abụrịrị ndị maara ezi na ụlọ nwoke na nwaanyị ahụ nke ọma. Ọ bụ ọrụ dịịrị onye aka ebe ijụtacha ihe niile banyere nwaanyị a na-alụ na ezinụụlọ ya. Onye aka ebe ahụ ka ọ dịịrị ịhụ na alụm di na nwunye ahụ gara nke ọma ma bụrụkwa ha ka ezinụụlọ mmadụ abụọ a na-eziịta ozi ọ bụla gbasatara alụmalụ ahụ. N'ihi nke a, ihe ọ bụla a ga-eme n'alụm di na nwunye ahụ, onye akaebe ga-amarịrị maka ya. Nke a mere o ji dị mkpa na onye aka ebe na-amatacha ma ọ bụ ga-echetecha ihe niile nwoke mefuru n'isi nwaanyị ka ọ ga-abụ e nwee esemokwu ruru n' ịgba alụkwaghịm, ka e nwee ike ikwụghachị nwoke ihe niile o mere.

Mgbalị Ikpezi Ndị Chọrọ Ịgba Alụkwaghịm

Ndị niile anyị gbara ajụjụ ọnụ kwetere na ọ bụghị ozugbo din a nwunye kwuru maka ịgba alụkwaghịm ka a na-ekwetere ha n'ihe ha kwuru. O nwegasịrị mbọ ndị a na-agba maka igbochi ọnụdụ ịgba alụkwaghịm. Ihe Mz. Ikpeama onye Umunumo kọwara gbasara nke a bụ na mmadụ anaghị eji ihu ọchị agba ibe ya alụkwaghịm, n'ihi na ọ nwere ihe mere ede jiri bee nwụrịị n'ọkwa. Ikpeama (05-11-20) kwuru na ịgba alụkwaghịm nwere ike site n'aka nwoke ma ọ bụ n'aka nwaanyị. Esemokwu a na-esite n'obere okwu wee rue na nkewa ezi na ụlọ. Mgbe ụfọdụ, nwaanyị na-ahapụ ụlọ di ya gbalaa n'ụlọ nne na nna ya. Ọ nwere ike ihapụ ụmụ ọ mụtara dị ka o siri kọwaa. Ọ gakwara n'ihu gosipụta na naanị ihe dị etu a apụghị ime ka nwoke ahụ gbaa nwunye ya alụkwaghịm. Kama, nwoke ahụ ga-eziga onye aka ebe ya n'ụlọ ọgọ ya ka ọ gaa chọpụta ihe kpatara nke a ma rịọ nwunye ya ka ọ lọghachita. Ọ sị na mgbe onye aka ebe gachara ma nwaanyị ekweghị, nwoke ahụ ga-ejiri ụkwụ ya gaa ma kpọrọkwa

mmadụ ole na ole ndị ụmụ nna ya gaa rịọ ya arịrịọ ka ọ lọghachi n'ụlọ ha. Mgbe ụfọdụ nwaanyị ahụ nwere ike soro ha lọta ụbọchị ahụ. Mgbe ụfọdụ o chere mgbe chi foro, o wee lọchaghị azụ. Nwaanyị nwere ike kwuo na ọ bụ naanị ka ya sopụrụ ụmụ nna di ya bịaara mere ya ji wee soro ha laa.

Otu onye na ndị a gbara ajụjụ ọnụ tụnyere na nwaanyị na achọkwaghịzi di ya ga-agwa nna ya na ya agaghị ebikwa n'ụlọ di ya ahụ ọzọ. Ọ bụrụ na nwaanyị a mee etu a, nwoke ahụ ga-aga lụọ nwaanyị ọzọ ma gwa ndị aka ebe ka ọ gwa ndị ọgọ ya na ya na-echere ihe ya. Okwu a gosiri na ya chọrọ ka ha kwụghachi ya azụ ihe o mere n'isi nwunye ya.

Mgbe nne na nna, ụmụ nna mmadụ abụọ a na onye aka ebe gbalichara ike ha ka ha kpeziere di na nwunye a ma okwu enweghị isi ma ọ bụ ha asị na afọ ejula ha n'alụmalụ ahụ, ihe ọzọ a ga-eme bụ ichere ụbọchị ndị ọgọ ga-abịa ịgbakọ ihe nwoke mefuru n'isi nwaanyị ahụ. **Ịkwụ**

Ngọ / Ịgbakọ Ụgwọ Isi

Ndị a gbara ajụjụ kwutechara na a na-enwee nkwụghachị ego isi nwaanyị, ọ kachasị mgbe ikpe mara nke nwaanyị maọbụ na ọ bụ nke nwaanyị bụ onye chọrọ ya bụ ịgba alụkwaghịm. Mz. Onuama (03-02-20) kọwara na ikwụ ngọ ma ọ bụ ịgbakọ ụgwọ isi nwaanyi anaghị adị mfe n'ihi na n'oge gboo, ọ naghị abụcha ego ka nwoke na-eji alụ nwaanyị. Ọtụtụ oge, ọgọ na-agwa ọgọ ya ka ọ bịara ya ọrụ ugbo na ọrụ ụlọ dị ka igbu akwụ, ịkpata nkụ na ihe ndị ọzọ. Oge ụfọdụ, o nwere ike bụrụ na nwoke ahụ gbuteere ndị ọgọ ya anụ dị ka nwoke na-achụ nta. O kwuru na ọ bụ ọrụ dịịrị ndị aka ebe icheta ma ọ bụ ikọwa ugboro ole nwoke ahụ mere ihe dị etu a n'ihi na mgbe ochie, enweghi ihe e ji wee na agbakọ ma na-edekọta. Ọ ga-abu nnukwu oke ndọrọndọrọ maka na ọtụtụ oge, nwoke na-ewere iwe chọọ ka ọ gbakọ karia ihe ndị o mefuru. Oge ụfọdụ, ihe na-ebi esemokwu a na-abụ otu onye ịńụ iyi iji gosipụta na ihe ya na-ekwu bụ eziokwu.

Mz. Onuama kọwakwara na o ruo n'ubọchị a ga-akwụ ngọ ahụ, ebe a ga-anọ wee kwụghachi ya bụ n'ụlọ di nwaanyị ahụ. N'agbanyeghi na okwu na-ese, nwoke ahụ ga-esiri ha nri, bute mmanya na ọjị. Ndị ga-anọ n'ebe ahụ gụnyere; nne na nna mmadụ abụọ a maọbụ ndị nnọchite anya ha, ụmụ nna mmadu ole na ole nakwa ndị aka ebe. N'ebe a, nwoke ahụ ga-apụta n'ihu ọha na eze ma kwuo ihe o mefuru n'isi nwaanyị ahụ. Ndị aka ebe ga-agba ama ma ihe nwoke ahụ kwuru ọ bụ eziokwu ka ọ bụ na ọ bụghị eziokwu n'ihi na ha machara ihe niile nwoke mere n'isi nwaanyị ahụ.

N'akụkụ nke ya Ork. Ibekwe (05-03-21) na nkọwa nke ya kowari sị na a bịa n'ala Umunumo, nwoke ga-agbakọcha ihe niile o mefuru n'ise nwaanyị, ma nri e siri n'ụbọchị a lụrụ nwaanyị ahụ, tụmadi ma ọ bụrụ na ọ bụ nwaanyị gbara di ya alụkwaghịm. Oge ụfọdụ, nwoke nwere obi ọjọọ ga-etinye uru n'ihe o mefuru ma kwuo sị na ọ bụrụ na ọ bụ ahịa ka ya ji ego ahụ wee na-azụ ka mgbe afọ ole ha bigoro na ego ahụ aghaghị ịmụtara ya nnukwu ego dị ka uru. N'ihi nke a, ọ ga-amalite ịgbakọ ihe o mefuru bido ụbọchị mbụ ọ bịara ịlụrụ nwaanyị ahụ rue mgbe ọ gbachara nkwụ ya.

Ọ kọwapụtakwara na mgbe ụfọdụ, o nwere ike bụrụ na ụbọchị nwoke ahụ bịara ịlụ nwaanyị ahụ, ọjị o wetara gbara mkpị asaa, nwoke ahụ nwere ike kpebie na a ga-ewetarịrị ọjị gbara

mkpị asaa, ma ọ bụghị ya, ije ha bịara agaghị enwe isi. O buru na nwaanyị ahụ mụtara ụmụ ma ụmụ ahụ etobeghi, a kwụcha ụgwọ isi, nwoke nwere ike si nwaanyị ahụ were ihe fọdụrụ wee lekọtawa ụmụ aka ya anya. O bụrụ nwaanyị ahụ amụghị nwa, o ga-akwụcha ihe niile.

Ork. Ibekwe gakwara n'ihu kwuo na anaghị akwụ ụgwọ isi nwaanyị dị ime n'ala Igbo. Ọ bụrụgodi na nwaanyị akwụghachibeghi di ya ụgwọ isi, o nwee ka afọ ime si baa ya afọ, a ga-echere nwaanyị amụchaa nwa. Nwa ọ bụla ọ mụtara ka bụ di ya mbụ mụrụ ya. Ọ bụ ya mere na mgbe nwoke na-ewere ihe ya, ọ na-ahapụ obere ego n'aka ndị ọgọ ya. Ha asị na ụbọchị ọ bụla nwaanyị ahụ bidoro hụwa nsọ ya, ya kpọọ ha ka ha bịa weretọpụ ego ha. Nke a bụ iji hụ na o nweghi nwa ha nwaanyị a bu n'afọ tupu a gbaa ya alụkwaghịm. Ya mere Ork. Agbo (10-02-20) ji wee ganye n'ihu kwuo na, nwaanyị ọ bụla gbara di ya alụkwaghịm agaghị alụ di ọzọ ma ọ bụ nwoke ọzọ masịrị ya rue mgbe a kwụghachiri ụgwọ isi ya. Oge ụfọdụ ọ na-abụ mgbe nwoke ọzọ chọrọ ịlụ nwaanyị ahụ ka e ji akwụghachị di ya ụgwọ isi ya, ma ọ bụ ha kwụọ ya ozigbo ha abụọ gbara onwe ha alụkwaghịm.

Mz. Anọnye (24-12-21) kọwapụtara na mgbe ụfọdụ, nwoke nwere ike gbaa nwaanyị alụkwaghịm ma jụ na ya agaghị akpọrọ nwa nwaanyị ahụ mụtara ya, ma jụ na ya agaghi ewere ego ọ kwụrụ n'isi nwunye ya. Ọ kọwara na ihe na-eweta ụdị omume a bụ mgbe nwoke chọpụtara na agwa nwaanyị a jọrọ njọ nke ukwuu. Nke a ga-eme ka nwoke ahụ na eche na nwaanyị ahụ nwere ike kuzigoro ụmụ ya ụdị agwa ọjọọ ọ na-akpa. Dị ka Ork. Mbakwe (05-03-21) siri kwuo ọ bụrụ na di na nwunye agbaa onwe ha alụkwaghịm, e mechaa otu n'ime ha anwụọ, onye nke ọzọ anaghi akwa ya n'ihi na enweghi ihe ọ bụla jikọrọ ha abụọ ọzọ. Onye dị ndụ nwere ike iru uju, ma ọ dịghị iwu jidere ya na ọ ga-akwa onye nwụrụ anwụ.

Ntagba Ọjị/Ịgba orikọ

Nke a bụ ihe ọzọ ndi a gbara ajụjụ ọnụ mere ka a mata maka omenaala igba alụkwaghịm. Omenaala **ntagba ọjị/ịgba orikọ** bụ nke a na-eme ma a gbachaa alụkwaghịm. Ọ bụ nwoke na nwaanyị irikọ. Mz. Eke (03-03-21) kọwapụtara nke a mgbee ọ sị na ihe 'ntagba ọjị" pụtara bụ nwoke na nwaanyị ịńụ iyi n'etiti onwe ha iji gosi na ọ nweghị onye nwere obi ọjọọ n'ebe ibe ya nọ ruo imegide ibe ya. Ọzọ ọ bụ na ọ nweghị onye ga-emegide ụmụ ha mụtara. Mz. Eke sị na ụbọchị ha ga-eme omenala dị etu a n'ododo dịka abacha bụ ụbọchị ahịa Orie Abacha n'ihi na omenala Abacha na-abụ ụbọchị Orie. Ndị Nsukka na Umunumo sị na ọ bụ ubọchi afọ maọbụ Eke maka na ụbọchi Orie bụ ụbọchị ahịa ukwu digasị n'ebe ha. Ha sị na ndị mmadụ anaghị enwe efe aga ihe ọzọ ụbọchị ahịa ndị a. Ha sịkwa n ụbọchị Afọ ka e ji eme ihe nchụaja. Mgbe ha mechara ihe ndị a, nwoke agaghị eze nwaanyị agaghị eze nwoke eze. O nwee ka otu onye n'ime ha si daa n'ọrịa, ndị mmadụ agaghị echewe echiche banyere onye nke ọzọ ma ọ bụ ya mere ya ka ọ bụ na ọ bụghị ya mere ya. Mz. Eke kọwara na a bịa n'obodo Abacha na bụrụ na di na nwunye ahụ atagbaghị ọjị, nwaanyị ahụ agaghị enye ụmụ ya ihe ọbụla ma ọ bụ iga n'ụlọ di ya ga-leta ụmụ aka ya.

O kwukwara na ọ bụrụ na di na nwunye agbaa alụkwaghịm, ụmụ ha agaghị asị na nne ha abụghịkwa nne ha ọzọ. Ha ga na-aga n'ụlọ nne ha mgbe ọ bụla ha chọrọ ma nne ha nwekwara ike ịga leta ha mgbe ọ bụla ọ chọrọ. Oge ụfọdụ ụmụ aka ahụ tota ma rụọ ụlọ nke ha, ha nwere ike ịkpọghachi nne ha n'ụlọ nke onwe ha mana nwaanyị ahụ nwụọ, a ga-eli ozu ya na ala ụmụ ya na abụghị nke di ya.

Uru Dị N'Ịgba Alụkwaghịm

N'eziokwu, ịgba alụkwaghịm abụghị ihe ọma n'ala Igbo mana oge ụfọdụ, e nwere uru nwoke ma ọ bụ nwaanyị nwere ike irite ma ọ gbaa ibe ya alụkwaghịm. Cheta na atụtụ nchọchabụ atụtụ kọnsent/nkwekọrịta a na-akọwa na alumdi na ịgba alụkwaghịm nọ n'ogo dị nhatanha. Nkọwa ndị otu atụtụ a bụ na ọ bụrụ na di na nwunye na-ekwekọrịta mgbe ha na-achọ ịlụ na ha ga-ekwekọrịtakwa mgbe ha na-achọ ịgba alụkwaghịm. Ndị nkwado atụtụ a na-ahụta ịgba alụkwaghịm dị ka ihe adịchaghị njọ maka na o nwere ike inye aka na-ebelata ihe ụfụ ndị na-eso ọdịda ntụkwasịrịta obi, inwe obi isike, na nkwụdọsiike n'ime ndị na-alụ dị na nwunye. Site n'ọhịa nchọcha anyị, anyị hụtara na ọbụ ọdịda ntụkwasịrịta obi kpatara ma nwekwaa ike ịkpata ịgba alụkwaghịm bụ nke ndị o metụtara na-eji nkwekọrịta abanye. Mgbe nke a mere, ma ọ bụghị uru, ọ bụrụ oghọm. Uru ndị mmadụ hụgoro na bụga ńdị a:

Nrite Ọmụmụ

Nke a bụ echiche ọtụtụ ndị a gbara ajụjụ ọnụ. Onye dịka Enyi Dom (09-01-19), na Nsukka si na mgbe ụfọdụ, di na nwunye bi n'otu ụlọ nwere ike ha amụtaghị nwa, mana ha gbaa alụkwaghịm, nwoke nwere ike lụrụ nwaanyị ọzọ ma bido mụtawa nwa ma ọ bụ nwaanyị a lụrụ di ọzọ ma bido mụtawa nwa. Nke a wee bụrụ na alụkwaghịm ha gbara onwe ha nyeere ha aka otu wee mụta nwa nke ọ naghị amụtabu n'mbụ. Ihe o kwuru bụkwa nkwenye otụtụ n'ime ndị ọzọ a gbara ajụjụ.

Mgbochi Ọrịa Ma Ọ Bụ Ọghọm

Ihe ọzọ ndụ a gbara ajụjụ ọnụ rụtụrụ aka bụ na, o nweghị onye na-eji anya ọma agba ibe ya alụkwaghịm. Ha sị mgbe ụfọdụ na ụjọ mbute ọrịa na-eso ebute ịgba alụkwaghịm, ọ kachasị mgbe a hụtara umere ịgba n'ezi. Ufọdụ mere ka mara na ọ bụ iwe otu ihe ma ọ bụ nke ọzọ ka otu onye na-eji agba ibe ya alụkwaghịm dị ka mgbe nwaanyị maọbụ dị ya na-agba n'ezi, nwaanyi ya na di ya na-alụ ọgụ oge ọ bụla. Ndị dị etu a nwere ike ikpebi ịnọrọ onwe ha karịa ịnọrọ n'otu ụlọ otu onye ebunye ibe ya ọrịa, meruọ ahụ maọbụkwanụ nwụfuo ọnwụọ n'erughị eru.

Ọghọm Dị N'Ịgba Alụkwaghịm

Dị ka anyị kwubugoro na mbụ, alụkwaghịm abụghị ihe ọma n'ala Igbo n'ihi na a tụrụ n'ilu si na ọ dighị onye na-ekwere ihe ọjọọ egwu. Ya mere ihe ọghọm ndị a bụ ihe ndị anyị chọpụtara n'ọhịa nchọcha site n'ajụjụ ọnụ anyị gbara ya na nlere anya :

Ihe Ihere

Ọ na-abụ ihe ọjọọ mgbe di na nwunye bikatara n'otu ụlọ ruo n'ikpeazụ ha bụrụ ndị kewara onwe ha. Mbụ ọtụtụ ndị gbarala alụkwaghịm anyị jekwuuru ejighị ihu ọma wee nabata anyị. ịhụ ha gosichara na ọnọdụ ha ejuchaghị ha afọ. Mmadụ dịka Ibekwe (05-3-21) na nkọwa sị na Ịgba alụkwaghịm an-emechu ọgọ na ọgọ ihu. Ọ sị na ndị Igbo kwenyere na ọgọ bụ ikwu atọ maka na mgbe mmadụ lụrụ nwaanyị, ndị ala ya na-ama, ikwu na ibe ya na-ama, ndị ikwu nne ya na nke nwaanyị na-ama. Nke a na-eme ka mmadụ ndị dị iche iche makọrịta onwe ha dị ka ọgọ na ọgọ. Ma ọ bụrụ na nkewa adị ma ọ bụ bata n'etiti nwoke na nwaanyị n'ikpe azụ, ọ na-abụ ihe mwute nke ukwuu mgbe ọgọ abụkwaghị ọgọ dị ka ọ dị na mbụ, mgbe ikwu na ibe maburu onwe ha na-erikọ dị ka enyi na enyi n'aha di na nwunye enwekwaghị ike ime etu a n'ihi nkewa.

Oke Ịkwa Iko

Ufọdụ hụtara ịgba alụkwaghịm dịka ihe na-emekwa ka ịkwa iko baa ụba n'ihi na ọ bụrụ na nwaanyị enweghị onye lụchiri ya, maọbụ nwoke alụchie nwaanyị, mgbe ụfọdụ ọ na-eme ka ọnye ahụ na-awagharị n'isi ụzọ dị iche iche. Ka ọ dị na nwaanyị bụkwa ka o nwere ike ịdị na nwoke. Mbakwe Pau sị na mgbe nke ahụ mere ugwu mmadụ a na-akpụ n'ala

Ụmụaka Anaghi Enwe Ezigbo Ọzụzụ

Mmadụ niile a jụrụ ajụjụ kwetere na ụmụaka a mụrụ n'ezinụụlọ a gbara alụkwaghịm na-enwe nsogbu ezi ọzụzụ. N'okwu Alọka,

> Ọ bụrụ na di na nwunye mụtara nwa maọbụ ụmụ tupu nsogbu alụkwaghịm adaa, ọ na-eme ka ụmụ ha ghara inwe ezigbo ọzụzụ. Nke a na-adị etu a n'ihi ndọrọndọrọ nwoke na nwaanyị ga na-adọ iji mee ka ụmụ aka ndị ahụ hụ otu n'anya ma kpọọ nke ọzọ asị. Ọzọ ụmụaka na-enwe ezigbo ọzụzụ ma ọ bụrụ na nne na nna biri n'udo, jikọọ aka ọnụ wee nye ụmụ ha ọzụzụ kwesịrị ekwesị. Ihe ọzọ bụ na ụmụaka si n'ụlọ alụkwaghịm na-anata oke mkparị n'aka ụmụaka ibe ha nke na-ebutere ha oke ịda mba.

Enweghị Obi Ụtọ

Echiche ọzọ ndị a gbara ajụjụ ọnụ zipụtara bụ na ụmụaka ọ bụla sitere n'ezinụụlọ a gbara alụkwaghịm anaghị enwe obi ụtọ. Mz Aloka sị;

> mgbe ụfọdụ ụmụ aka ahụ na-enweta ihe mmekpa ahụ dị iche iche. Ọ sị na o nwere ike ọ bụrụ ụkọ ego ma ọ bụ ndọghachi azụ n'agụmakwụkwọ. Ọtụtụ oge, ọnọdụ a na-akwanye ụfọdụ n'ikpa agwa ọjọọ dị ka; izu ohi, ịńụ mmanya ike, ma ọ bụ ha atụta ime erughị eru. Mgbe ụfọdụ, ha lụkwaa nwaanyị ha onwe ha, agbakwaa alụkwaghịm n'ihi na ọ bụ ihe ha mụtara n'aka nne na nna ha.

Ọ bụghị naanị na nwamadị a kwuru nke a, mgbe anyị gachara n'ezinụụlọ ebe e kwugasịrị na e nwere ndị gbara alụkwaghịm n'obodo atọ ndị a digasị na steeti dịcha iche iche, ụmụazi ndị anyị zutere enweghị nke chọrọ ikwuru anyị okwu. Ụfọdụ kpachara agwa ka ndị ọ ga-abụ a kpatụ aka ha akụsuo. Ejiji ụfọdụ n'ime ha kọpụtara ndụ ha na-ebi. Ndị nke dị nwayọọ dị oke nwayọọ.

E Nweghi Ugwu

Alụm di na nwunye dị ka anyị mara bụ ihe ọkpụ bụrụkwa ihe nwere nnukwu nsọpụrụ n'ala Igbo. O gosighị ezi ihe ma ọ bụrụ na nwoke ma ọ bụ nwaanyị tozuru oke n'ala Igbo alụghị di ma ọ bụ nwunye n'ihi na a sị na ụsụ anaghị eme ihe ọma wee were uchichi apụta. Nwaanyị ma ọ bụ nwoke ọ bụla gbara alụkwaghịm anaghị e nwezi ugwu ma ọ bụ nchekwa n'ebe ndị mmadụ nọ. Nke a bụ ihe anyị kpebitere site n'ọsịsa ọtụtụ ndị a jụrụ ajụjụ nyere ya na ihe ndị anyị ji anya anyị hụta. Otu n'ime ụmụ nwaanyị anyị jụrụ ajụjụ kọrọ ihe mere ya mgbe ọ pụtara ịzọ ọkwa ọchịchị ebe ọ na-arụ ọrụ. Ọ sị na ndị mmadụ ji ya mere ihe ọchị na-ekwu na onye achinwughị ezinụụla ya bịara ịchị ha. Ọ sị na ndị mmadụ anaghị achọ ịma onye nsogbu si n'aka.

Oke Mmefu Ego

Dịka anyị si n'ọhịa nchọcha ghọta, ịgba alụkwaghịm na-eweta oke mmefu ego n'ebe nwoke ọzọ ga-alụ nwaanyị ahụ nọ ma ọ bụ n'ebe ezi na ụlọ nwaanyị ahụ nọ. Ọ bụrụ na nwaanyị na di ya agbaa onwe ha alụkwaghịm, nwaanyị ahụ agaghị alụkwa di ọzọ belụsọ ma ọ kwụghachiri di ya mbụ ihe niile o mere n'isi ya. Ọtụtụ oge ọ kwụọ karịa ihe nwoke mere n'isi ya. Mgbe ụfọdụ nwoke ga-alụchi nwaanyị ahụ gbara alụkwaghịm ga-emefu ego n'ihi na ọtụtụ oge ọ bụ ya na-akwụghachi di ya nke mbụ tupu ya onwe ya emee ego n'isi nwaanyị ahụ. Ọtụtụ oge di na nwunye a na-emefu ego mgbe ha na-ekpe ikpe gbasara ịgba alụkwaghịm ahụ site n'isiri ndị na-abịa ekpere ha ikpe nri ma na-azụrụ ha mmanya na ọjị. Mgbe ụfọdụ ha enye ndị aka ebe ego maka ịgba ụgbọ ala gaa ozi dị iche iche. N'otu aka ahụ, mgbe a na-akwụghachi nwoke ihe o mere, ego a ga-akwụ ya agaghị e nwekwa uru ọ bara ka nke o mefuru na mbụ n'isi nwaanyị ahụ. Nwoke ahụ na-emefukwa ego mgbe ọ na-achọ ịlụ nwaanyị ọzọ n'ihi na ọ bụrụ na ọ gbaghị alụkwaghịm ọ gaghị alụkwa nwaanyị ọzọ.

Nsogbu N'Alụmdi Ụmụ

Ọtụtụ oge, nsogbu na-ahapụ ndị gbara ibe ha alụkwaghịm bịakwute ụmụ ha. Nsogbu a na-apụtakarị ihe mgbe ụmụ ndị a ruru ịlụ dị ma ọ bụ nwunye. Ọtụtụ mmadụ n'ala Igbo niile anaghị achọ ịlụ di maọbụ nwunye n'ezinụụlọ ebe a gbara alụkwaghịm. Ebe nke a na-agbawa obi nye ndị chọrọ ịlụ di na nwunye bụ mgbe ịhụnaanya batagoro tupu a chọpụta ọnọdụ ezinụụlọ nne na nna otu onye n'ime ndị na-achọ ọlụlụ dịka ebe nne na nna ha gbara alụkwaghị. Nsogbu a na-enwe ebe a sitere na nkwenye ndị Igbo na 'agwọ aghaghị ịmụ ihe dị ogologo.' Ya bụ na ọ bụrụ na nwa emeghị ka nne ya, o mee ka nna ya. N'ihi nke a, Ịgba alụkwaghịm nke nne na nna nwere ike ibutere ụmụ ha ọgbatauhie mgbe ha na-achọ ịlụ di maọbụ nwunye nke ha. Elemgi bụ onye gbara ama nke a site na nsogbu o nwere mgbe di na-abịara ya maka na nne ya gbapụrụ n'ụlọ nna ya. Ọ sị na ndị jicha ezigbo ego bịara ịlụ ya na adanne ya lachara azụ mgbe ha nụrụ maka ọlịla nne ha site n'ụlọ nna ha. Ọ sị na ọ hịaara ya na nwanne ya nwaanyị ahụ ịlụ dị.

Nchịkọta Na Mmechi

Nchịkọta

Ịgba alụkwaghịm bụ otu ọnọdụ n'ime omenala pụtara ihe n'alụmdi na nwunye n'ala Igbo. Omenala, nke bụ otu ndị si eme omume, bụ otu njirimara obodo ndị mebere ala Igbo. Ọtụtụ ndị okammụta ekwubuola ma dekwaa ọtụtụ ihe doro ewu na okụkọ anya nke bụ na obodo ọ bụla nwere omanala e ji mara ha. Nke a mere o ji dị mkpa inyocha ka ndị ala Igbo si eme omenala igba alụkwaghịm.

Ngalaba omenala ndị Igbo e lebara anya n'ihe nchọcha a bụ 'ịgba alụkwaghịm.' A gbadoro ụkwụ n'obodo ala Igbo atọ mee nchọcha a. Site n'obodo ndị a, anyị gosipụtara ihe ndị ahụ nwere ike iweta alụkwaghịm, ụzọ e si agba alụkwaghịm n'omenaala Igbo ya na uru na ọghọm na-eso ịgba alụkwaghịm.

Site na nchọpụta nke a, a hụtara na ọtụtụ na-abanye n'igba alụkwaghịm iji nwera ụsa banyere ọnọdụ ha na-agabiga n'ime alụm di na nwunye ha. N'ịrụtụ aka ka atụtụ Nkwekọrịta maọbụ kọnsent si metụta ihe ọmụmụ a ọ dị mkpa ichete na ihe atụtụ a na-ekwu bụ na ihe ndị bụ ntọala alụmdi na nwunye bụ ntụkwasịrịtaobi, inwe obi isike, na nkwụdọsike n'ime ndị na-

alụ dị na nwunye. Ndị ntụpụta atụtụ a sị na ọ bụrụ na ihe ndị a tụrụ anya ha n'alụmdi bido ịkọ ụkọ n'alụmdi na nwunye, na ọ ga-ebute ịgba alụkwaghịm. Ihe ndị anyị hụtara ma nụta n'ajụjụ ọnụ a gbara ndị Abacha, Nsukka na Umunumo gosichara na ọ bụkarị ngharịpụ n'ihe ndị a tụrụ anya na di na nwunye na-ebutebe Igba alụkwaghịm; ma ọ bụghị nwoke gharịpụrụ ọ bụrụ nwaanyị. Atụtụ nkwekọrịta na-ekwu na e kwesighị igbu oge mgbe ihe ndị bụ ntọala alumdi kọbara ụkọ na alụmdi na nwunye maka mgbochi nnukwu nsogbu nwere ike ịdapụta na ya. N'iheọmụmụ a, a hụtakwara na o nweghị iwu jidere onye enweghịzi afọ ojuju n'alụmdi ịnọgide na ya n'ala Igbo. Omenaala Igbo nabatara onye chọrọ ịgba alukwaghịm ime etu ahụ ma ọ bụrụ na a gbachago mbọ maka mkpezi ma onweghị isi. Enweghị isi nwere ike ịbụ ihe otu onye bu aga maọbụ nkwekọrita di na nwunye. Ihe ọzọ anyị chọpụtara bụ na ọ bụghị mgbe niile ka ọ na-abụ ọchịchọ obi di na nwunye ịgba alụkwaghị. Otu onye n'ime ha nwere ike kpalite echiche alụkwaghịm. Ọha ndị ikwu na ibe gbachaa mbọ ma onye chọrọ igba alụkwaghịm egeghị ntị, e kwetere ya na ihe ọ na-achọ. Ya bụ na ka o sina dị, a ga-enweriri nkwekọrita maka ịgba alụkwaghịm tupu ọ dị ire. Atụtụ kọsent maọbụ Nkwkọrịta na-akọwa na alumdi na ịgba alụkwaghịm nọ n'ogo dị nhatanha. Nkọwa ndị otu atụtụ a bụ na ọ bụrụ na di na nwunye na-ekwekọrịta mgbe ha na-achọ ịlu na ha ga-ekwekọrịtakwa mgbe ha na-achọ ịgba alụkwaghịm. Okwu a yiri ihe a na-ahụ mgbe a na-eme mmemme ịgba alụkwaghị n'ala Igbo ndị niile a gbadoro ụkwụ mee ihe ọmụmụ a. A na-akwghachi ụgwọ isi nwaanyị na ihe ndị e Megara n'isi ya n'ihu ndị ikwu na ibe nakwa n'ihu ndị aka ebe. Ndị a niile bụkwa ndị na-anọ mgbe a na-alụ di na nwunye. Ndị nkwado atụtụ a na-ahụta ịgba alụkwaghịm dị ka ihe adịghị njọ maka na ọ na-enye aka ebelata ihe ụfụ ndị na-eso ọdịda ntụkwasịrịta obi, inwe obi isike, na nkwụdọsike n'ime ndị na-alụ dị na nwunye. Ihe a a na-ekwu pụtakwara ihe n'uru na ọghọm ndị a hụtara n'iheọmụmụ a nwere ike isite n'ịgba alụkwaghịm dị ka anyị rụtụgasịrị ha aka n'elu ebe a.

Ka o sila di, anyị hutagasịrị na ịgba alụkwaghịm nwekwara ọtụtụ ọghọm dị iche iche nke pụtara ihe n'ụdị ụmụ aka enweghị ezigbo ọzụzụ, oke ikwa iko, nwoke na nwaanyị enweghi ugwu, oke mmefu ego, ọnwụ erughi eru nakwazị ihe ndị ọzọ nwere ike ịdapụta mgbe di na nwunye gbara alụkwaghịm. Anyị chọpụtara na ịgba alụkwaghịm na-apụtakarị ihe mgbe ịhụnanya ndị lụrụ di na nwunye rigoro mperi site n'otu ajọ omume ma ọ bụ ọzọ. Ajọ omume a bụ nke na ekweghizi otu onye ma ọ bụ ibe ya odidi. N'ikpeazụ ọghọm anyị hụtara n'Igba alụkwaghịm karịrị uru na-eso ya

Ntunye Aro

N'uche nke ndị ọchọcha, maka na a na-asị na uche onye adịghị ya njọ, ọnọdụ agwa ọjọọ ndị na-adị na-adapụta n'etiti di na nwunye bụ ihe kwesiri ka e lenye ha anya n'agbanyeghi na a na-ahụta nke a dị ka ihe agaghị ekwe omume. Mana anyị mara nke ọma na mgbanwe bụ ihe na-adịgide ma ọ na-aga n'usoro n'usoro. Ya bụ na mgbanwe bụ ihe e nweghị ike igbochi n'ihi na ọ ga-adị.

Nke mbụ, nwoke na nwaanyị kwesiri inwe ezi ịhụnanya n'etiti onwe ha ma bụrụ ndị na-emekọta ihe ọnụ oge ọ bụla. Ha kwesiri inwe ndidi ma jiri ndidi na-eso ọnọdụ ọ bụla nwere ike ịdapụta n'ime alụm di na nwunye ha. Ha ga-agba mbọ na-enyeritara onwe ha aka mgbe ọ bụla ha nọ n'ihe mgbu.

Nke abụọ, Nwoke na nwaanyị ọ bụla kwesiri iji eziokwu tọọ ntọala di na nwunye ha. Tụpụ ha abụọ ekpebie dị ka di na nwunye, ha abụọ kwesiri ịgwa ibe ha eziokwu banyere ihe nzuzo ọ bụla nwere ike ibute alụkwaghịm n'ihi na Igbo tụrụ ilu sị na mmiri ezoghi ma ala amaghị. Ndị ezi na ụlọ di na nwunye ga-agba mbọ wepu anya n'ebe di na nwunye ọ bụla nọ ma hapụ ha abụọ ka ha jiri aka ha wulie ma hazie ezinụụlọ etu ọ bụla ha siri chọọ n'ihi na oke nkuzi na-eweta esemokwu na alụkwaghịm n'ezinụụlọ.

Ihe nchọcha a na-arịọ ka ọha na eze ghara iji maka mmepe na mgbanwe dị iche iche chefuo ezi ntọala, nsọpụrụ na omenala Igbo nwere gbasara alụm di na nwunye. Ọ ka mma ka ọha na eze gbaa mbọ chịkọta aka ọnụ ma were ịhụnanya tinye n'alụmdi na nwunye ha n'ihi na a nyụkọọ mamịrị ọnụ ọ gbaa ụfụfụ. N'ikpeazụ, o kwesiri ka di na nwunye gbaa nnukwu mbọ ma were ihe ndị a tinye n'ọrụ ka ha gbanahụ alụkwaghịm maka na nsogbu so ya karịrị uru ya.

Edemsibia/Nrụaka

Agbo, Michael Onyema (2016). Knowledge and perception of factors that bring about marital instability in Nsukka L.G.A. of Enugu state. *Arụmarụka B.A. Department of Social Work, University of Nigeria, Nsukka.*

Agụgụ, M.O. (2006) *Ndị Igbo na akụkọ ala ha.* Nsukka: Eva-Unique Printing and Publishing.

Aguiyi, A.I. (2010). *Marital Infidelity in some Selected Igbo Novels.* M.A. Dissertation, Dept of Linguistics, University of Nigeria, Nsukka.

Anizọba, O.M. (2010). *Marriage in Igbo land*. Unpublished lecture note. Nnamdi Azikiwe University, Awka.

Aroh, Chidiebere Blessing (2019). Comparative study on factors that contribute to marital instability: A study of Nsukka Local Government Area of Enugu State. *Arụmarụka B.A. Department of Social Work, University of Nigeria, Nsukka.*

Blackstone, W.(1765). *Commentries on the laws of England*. London: William Strahan and Thomas Cadell.

Bowe, W. J.(1981). The fault theory of divorce: A reevalution. *Journal of family law* 30(1), 123-136.

Ephraim-Chukwu, A.C. (2019). *Gynaeganny in Igbo Culture:* A study of marital sustenance of patriline among Awgu people. A Ph.D Thesis, Department of Igbo, African and Asian Studies, Nnamdi Azikiwe University, Awka.

Eskridge Jr, G.(2013).Gay law and the culture wars: Essential documents, 1970s-2010s. Stanford: Stanford University Press.

Ezeuko, R.O. (1986). *Ewumewu omenaala, ofufe na nkwenye ndị Igbo.* Onitsha: Etukokwa Publishers Nigeria Ltd.

Franiuk, R.; Cohen, D. & Pomerantz, E. (2002). Implicit theories of relationship: Implications for relationship satisfaction and longevity. *Personal Relationship*, 9, 345-367.

Kelly, J. B., Krolicki, A., & Cox, D. J. (2017). The longitudinal course of marital quality and stability: An actor –partner approach. *Journal of marriage and family,* 89, 543-55.

Lui, S., Wang, W., & Lui, X. (2019). Financial stress and divorce: Evidence from China. *Journal of social economics.* 56. 24-33

Mbiti, J.S. (1975). *Introduction to African religion.* London: Heinemann.

Ofomata, C.E. (2012). *Omenala na ọdịnaala ndị Igbo.* Enugu: Format publishers Nigeria Ltd.

Ogbalu, E.F. (1979). *Omenaala Igbo.* Onitsha: University Publishing Company.

Ọgbalụ, F.C. (1981). *Ndụ ndị Igbo.* Onitsha: University Publishing Company.

Olekaibe, C. & Obiakor, E. (2021). Ọdịda Alụmdi: Ajọ ikuku sere elu n'agụmagụ Igbo ndị a họọrọ. Enyo Jọnal Awka. Besing Books 2; 86-93.

Osuagwu, B.I. (1982). *Ndi Igbo na omenaala ha.* Lagos: Macmillian Nigeria Publishers Ltd.

Ozioko, Ejiofor Felix (2014). Devorce and family instability: Cause, effect and solution. A study on Nsukka L.G.A. Arụmarụka B.A. Department of Social Work, University of Nigeria, Nsukka.

Terman, L. M. (1938). The Fault theory of divorce, *Journal of comparative law and social science* 18(2). 145-156

Uchendu, E. (2007). *Women-Women Marriage in Igbo Land.* In A.U. Azodo & M.N. Eke (Eds.). *Gender and Sexuality in African Literature and Film.* (pp.141-154). Trento (New Jersey). African World Press.

Wellerstein, J.S. & Lewis, J. M. (2018). *The Unexpected Legacy of divorce: A 25 year landmark study.* UK: Hachette.

NDỊ A GBARA AJỤJỤ ỌNỤ

NKE	AHA	OKE/NNE	AFỌ	AKA ỌRỤ	OBODO	ỤBỌCHỊ
1	Aloka Chukwunonye	oke	81	Ezumiike nka	Umunumo	1-7-2022
2	Anonye, James.	oke	60	ọrụ ugbo	Abacha	24-12-21
3	Aronụ Uwakwe.	oke	45	ọrụ aka	Abacha	28-11-19
4	Amadi Francisca	Nne	58	ọrụ ugbo	Abacha	03-12-19
5	Agbo Monica	Nne	55	Onye nkuzi	Nsukka	10-2-20
6	Atama Nnedi	Nne	66	Azumahịa	Nsukka	10-2- 20
7	Eke Nnaemeka	oke	79	ọrụ ugbo	Abacha	03-03-2021
8	Enyi Dom	oke	75	Ire Ahịa	Nsụkka	09-01-2019
9	Ekwealor Rebecca	Nne	65	ọrụ ugbo	Abacha	28-1-2019
10	Eze Michael	oke	57	ọrụ bekee	Nsụkka	09-12-19
11	Ibekwe Oyinnanya	Nne	80	Ezumiike nka	Umunumo	05-3-2021
12	Ifeakandụ Nnanyelugo	Oke	53	Ọrụ bekee	Abacha	09-1-2021
13	Ikpeama James	Oke	53	ọrụ bekee	Umunumo	05-11-20
14	Mbakwe Paul	Oke	54	ọrụ bekee	Umunumo	05-3-2021
15	Mbakwe Evlyn	Nne	62	ọrụ ugbo	Umunumo	05-3-2021

16	Nchekwube Christiana	Nne	55	ọrụ ugbo	Abacha	09-1-2021
17	Ojukwu Gabriel	Oke	68	ọrụ ugo	Abacha	04-1-2019
18	Okoroafor Chimampa	Oke	58	Ọrụ aka	Umunumo	20-4-21
19	Okpe Michael	Oke	72	ọrụ ugbo	Nsukka	28-12-21
20	Ozioko Enyinna	oke	80	ọrụ aka	Nsukka	03-3-2019
21	Okoro John	oke	80	ọrụ ugbo	Nsụkka	28-12-219
22	Onuama Elemgi	Nne	55	ọrụ bekee	Umunumo	03-2- 20
23	Uche Jonathan	oke	60	ọrụ ugbo	Umunumo	04-1-20
24	Urama okenna	oke	65	azumahịa	Nsukka	04-12- 20

Dgz.

Mgbakwunye

Ụfọdụ ajụjụ a jụrụ n'**ọhịa nchọcha maka inwete ọtụtụ ọsịsa ndị anyị nyere** na nchọcha a:

1. Biko nna anyị/nne e nwere omenaala Ịgba alụkwaghịm n'obodo Abacha?
2. Kedụ mgbe ọ dị gị ka o bidoro dịba?
3. Kedụ ka I nwere ike isi kọwaa ihe a bụ Ịgba alụkwaghịm?
4. O nwere ndị ị hụgoro maọbụ ị nụgoro gbara alụkwaghị n'obodo a?
5. Kedụga ihe ndị nwere ike ibute ịgba alụkwaghịm n'etiti di na nwunye dịka i si hụta maọbụ nụta?
6. E nwere usoro ị ma e si agba Alụkwaghịm n'ala Abacha?
7. O nwere ihe ị hụtagoro dị iche n'omenaala ịgba alụkwaghịm n'oge mgbe ochie na n'oge ugbua ?
8. E nwere uru ị hụtara n'ịgba alụkwaghịm?
9. E nwere ọghọm ị hụtara n'ịgba alụkwaghịm?
10. Biko e nwere ndụmọdụ maọbụ aro I nwere ike ịtụnyere ụmụ mmadụ maka ịgba alụkwaghịm?

Ndewo ka Chukwu gọzie gị